**COURSE GUIDE**

# IGB 222
# MORPHOLOGY OF IGBO
# AMỤMAMỤ USORO MMEBE OKWU IGBO


**Course Team** Dkt. Gerald O. Nweya (Odee)- University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)
Prọfesọ B. M. Onyemaechi Mbah (Onye Òdezi Ihe Ọmụmụ)-Nsụka.
Prọfesọ Herbert Igboanụsị (Onye Nchịkwa Ihe Ọmụmụ)-University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)



**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

© 2023 by NOUN Press
National Open University of Nigeria
Headquarters
University Village
Plot 91, Cadastral Zone,
Nnamdi Azikiwe Expressway
Jabi, Abuja

Lagos Office
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island, Lagos

e-mail: centralinfo@noun.edu.ng
URL: www.nouedu.net

All rights reserved. No part of this book may be reproduced, in any form or by any means, without permission in writing from the publisher.

First Printed 2023

ISBN: 978-978-058-852-6

**NDỊNA** **IHU**

| | |
|---|---|
| Mkpọlite ………………………………………………………… | iv |
| Mbunuche izugbe ……………………………………………….. | iv |
| Mbunuche Kpọm kwem …………………………………… | iv |
| Nkọwa ihe ọmụmụ ………………………………………… | v |
| Ngwa ihe ọmụmụ…………………………………………… | v |
| Yunit ihe ọmụmụ…………………………………………… | v |
| Akwụkwọ ọgụgụ na Nrụtụaka …………………………….. | vi |
| Nnwale ………………………………………………………….. | vi |
| Ihe omume ……………………………………………………. | vi |
| Ule na enyemmaakị ………………………………………... | vii |
| Usoro enyemmaakị ………………………………………... | vii |
| Ndịna ihe ọmụmụ …………………………………………….. | viii |
| Ka ị ga-esi ritekarịcha uru ihe ọmụmụ a …………………... | viii |
| Ndị Nkụzi na Nkụzi …………………………………….. | viii |
| Nchịkọta………………………………………………………. | viii |

## Mkpọlite

IGB 222 bụ ihe ọmụmụ nwere kredit abụọ, nke a na-eme n'afọ nke abụọ n'otu simesta. E dere ya maka ụmụ akwụkwọ na-eme Igbo kpọm kwẹm. O nwere yunit iri na anọ, nke rụtụrụ aka na tụụ tụụ na rịị rịị niile dị na ndokọ mkpụrụ okwu na usoro mmebe okwu n'asụsụ Igbo. E si n'asụsụ Igbo weta atụ niile e nyere n'akwụkwọ a iji zipụta ka asụsụ Igbo si akpa agwa. E sikwazị n'asụsụ Bekee weta atụ ụfọdụ iji kọwaa usoro ụfọdụ ọfụma.

Nduzi ihe ọmụmụ a ga-akọwara gị ihe ihe ọmụmụ a na-ekwu maka ya, akwụkwọ dị iche iche a ga-agụ, na ka a ga-esi jiri ha rụọ ọrụ. Ọ ga-ekwu oge ole nkeji ihe ọmụmụ ọ bụla nwere ike iwe na ka a ga-esi mee ihe omume so ya. Ọ dị mkpa na ị na-aga klasị ka gị na ndị nkụzi gị nwee ike kparịta gbasara ihe nhịamahụ nwere ike ịdapụta n'ihe ọmụmụ a.

## Mbunuche Izugbe

E mebere ihe ọmụmụ a iji kọwaa usoro dị iche iche e si emebe mkpụrụ okwu n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo dị ka ótù n'asụsụ dị iche iche a na-asụ na Naịjirịa. Ihe ndị gbara ọkpụrụkpụ a na-atụ anya ha bụ:

a. ịkpọlite amụmamụ mmebe okwu dị ka otu n'alaka amụmamụ asụsụ
b. ime ka a ghọta ka asụsụ si akpa agwa dị ka o si metụta mmebe okwu
ch. ime ka a hụta ụzọ e si atụle asụsụ Igbo dị ka o si metụta usoro mmebe okwu
d. izipụtara gị usoro mmebe okwu dị iche e nwere n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo
e. inyere gị aka ịhụta ndịmiche n'usoro mmebe okwu asụsụ Igbo na nke asụsụ ndị ọzọ

## Mbunuche kpọm Kwẹm

Yunit ihe ọmụmụ ọ bụla e nwere na Ihe ọmụmụ a nwere mbunuche nke ya. O kwesiri ka a gụọ ya tupu a malite ileba anya na nkụzi e nwere na nkeji ọmụmụ ọ bụla. A tụrụ anya na ị mee nke a tupu e mechaa Ihe ọmụmụ a, bido n'isi ruo na ngwụcha, ị ga-enwe ike

a. kọwaa ihe mọfọloji pụtara
b. kọwaa ka asụsụ si akpa agwa dị ka o si metụta usoro mmebe okwu
ch. tụlee usoro mmebe okwu Igbo
d. kọwaa usoro mmebe okwu dị iche e nwere n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo

**Usoro Ihe ọmụmụ**

Ije mee Ihe ọmụmụ a nke ọma ma meruo ya n'isi, ọ dị mkpa na ị gụrụ yunit ọ bụla, gụọ akwụkwọ ọgụgụ a tụpụtara, nakwa akwụkwọ ndị ọzọ NOUN wepụtara. Yunit ọ bụla nwere ihe omume nke onwe so ya. N'agbata dị iche iche na Ihe ọmụmụ a, a tụrụ anya na ị ga-ezite ihe omume ndị ahụ e mere maka ntụle. Ọ ga-ewe ihe dị ka izu ụka iri na ise imecha Ihe ọmụmụ a. Na ngwụcha Ihe ọmụmụ a, e nwere ule mmechi. E depụtara ihe niile gbasara Ihe ọmụmụ a n'ebe a. A ga-ewepụta oge gụọ yunit ọ bụla ọfụma ka ị nwee ike mee Ihe ọmụmụ a ọfụma ma mechaa ya n'oge.

**Ngwa Ihe Ọmụmụ**

Ihe ndị ya na Ihe ọmụmụ a so gụnyere
1. yunit ihe ọmụmụ
2. akwụkwọ ọgụgụ
3. Faịl ihe omume
4. Oge Nzipụta ihe a mụtarala

**Yunit Ihe Ọmụmụ**

E nwere yunit ihe ọmụmụ iri na anọ n'ihe ọmụmụ a dị ka e si depụta ha ebe a:

**Modul 1 Mọfọlọji**

Yunit 1 Gịnị bụ mọfọlọji?
Yunit 2 Mkpụrụ okwu

**Modul 2 Mọfim**

Yunit 1 Gịnị bụ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ echiche?
Yunit 2 Njirimara mọfim n'asụsụ Igbo

**Modul 3 Ụdịdị Mọfim**

Yunit 1 Mọfim nnọrọ onwe
Yunit 2 Mọfim ndabe

**Modul 4 Usoro Mmebe Okwu**

Yunit 1 Mgbakwụnye nsina ngwaa
Yunit 2 Mbite
Yunit 3 Okwu ọhụrụ na ngwakọ
Yunit 4 Ejima okwu

Yunit 5 Nkwụkọ
Yunit 6 Nsina okwu njakịrị na nsina okwu ọkpụ
Yunit 7 Nsina usoro okwu na mgbatị Echiche
Yunit 8 Nchabi na ndebiri

Modul 1 na-akpọlite amụmamụ mọfọloji na uru ọ bara. Modul 2 na-eleba anya na mkpụrụ okwu, ụdịdị ya na etu e si amata mkpụrụ okwu. Modul 3 na-akọwa mọfim na ụzọ dị iche iche e nwere ike ịgbaso kewaa mọfim. Modul 4 na-akọwa usoro mmebe okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo. E nwere yunit iri na anọ n'ihe ọmụmụ a. Yunit ọ bụla nwere ihe ọmụmụ a ga-amụ n'otu izu. Ọ gụnyere Mbunuche, ntụzi aka ihe ọmụmụ, akwụkwọ ọgụgụ, ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi ga-amaakị. Ihe ndị a niile na-enye aka n'imejupụta mbunuche yunit ọ bụla nakwa nke ihe ọmụmụ a.

**Akwụkwọ ọgụgụ**

Ngwa nkụzi a bụ akwụkwọ kachasị mkpa n'ihe ọmụmụ a, mana i nwere ike ịgụ akwụkwọ nrụtụaka, e dụpụtara n'ebe a iji gụmi Ihe ọmụmụ a nke ọma.

**Ihe omume**

E kewere ihe omume a ga-eme n'ihe ọmụmụ a ụzọ abụọ: ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ule. Oge a na-eme ihe omume ndị a, a tụrụ anya na ị ga-etinye ihe niile ị mụtara n'ihe ọmụmụ a n'ọrụ. Ị ga-ezigara onye nkụzi ihe ọmụmụ a ihe omume niile i mere maka nlele etu oge ihe ọmụmụ a nakwa faịl ihe omume si kwu. Ihe omume nlele ga-ebu pasent iri atọ (30%) n'ime pasent 100% ihe ọmụmụ a.

**Ihe Omume**

E nwere ihe omume onye nkụzi ga-amaakị na ngwụcha yunit ọ bụla. A tụrụ anya na nwata akwkụkwọ ga-eme nke ọ bụla n'ime ha. Onye nkụzi ga-amaakị ha niile ma họrọ maakị atọ ọ bụla kachasị mma iji nweta maakị nnwale ngawanye. Ihe omume nke ọ bụla n'ime ha bu pasent iri (10%).

Nwata akwụkwọ mechaa ihe omume ọ bụla, ọ ga-ewere ya na fọọm ihe omume zigara ha onye nkụzi. Ọ ga-agba mbọ hụ na ha ruru onye nkụzi aka ya tupu oge e nyere maka nke a agafe. Ọ bụrụ na mechaghị ihe omume a tupu oge e nyere eruo, ọ ga-akpọtụrụ onye nkụzi ya ma rịọ ya ka o nyetụkwuo ya obere oge.

A gaghị enye nwata akwụkwọ oge ọ bụla ma ọ bụrụ na oge e nyere maka iziga ihe omume agafechaala, belu sọ n'ọnọdụ ajọ ọdachi.

**Ule na enyemmaakị**

Ule ikpeazụ maka IGB. 222 ga-ewe áwà abụọ ma buru pasent iri asaa (70%) n'ime maakị ihe ọmụmụ niile. Ule ikpeazụ ga-adịkwa ka ajụjụ e zutere n'ihe omume dị iche iche e merela. A ga-anwale nwata akwụkwọ n'ihe niile a kụziiri ya n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-agba mbọ hụ na o ji oge e nwere n'agbata mmecha nkụzi ikpeazụ na ule gụgharịa ihe niile e mere n'ihe ọmụmụ a. Ọ ga-abakwara ya uru ma ọ gụgharịa ihe omume nke onwe na ihe omume onye nkụzi nyere tupu ule eruo.

**Usoro enyemmaakị**

Tebul na-esote na-egosi etu a ga-esi nye maakị n'ihe ọmụmụ a.

| **Nnwale** | **Maakị** |
|---|---|
| **Ihe omume 1-4: maakị n'ime atọ kachasị mma = (10% x 3)** | **30%** |
| **Ule ikpeazụ** | **70%** |
| **Mgbakọ** | **100%** |

**Ndịna Ihe ọmụmụ a**

| **Yunit** | **Isi okwu** | **Emereme kwa izu** | **Ihe omume** |
|---|---|---|---|
| | Nduzi Ihe ọmụmụ | 1 | |
| Modul 1 | | | |
| 1 | Gịnị bụ mọfọlọji? | 2 | |
| 2 | Mkpụrụ okwu | 3 | **Ihe omume 1** |
| Modul 2 | | | |
| 1 | Gịnị bụ mọfim? | 4 | |
| 2 | Njirimara mọfim n'asụsụ Igbo | 5 | **Ihe omume 2** |
| Modul 3 | | | |
| 1 | Mọfim nnọrọ onwe | 6 | |
| 2 | Mọfim Ndabe | 7 | **Ihe omume 3** |
| Modul 4 | | | |
| 1 | Mgbakwụnye nsina ngwaa | 8 | |
| 2 | Mbite | 9 | |
| 3 | Okwu ọhụrụ na ngwakọ | 10 | |
| 4 | Ejima okwu | 11 | |
| 5 | Nkwụkọ | 12 | |
| 6 | Nsina okwu njakịrị na okwu ọkpụ | 13 | |
| 7 | Nsina usoro okwu na mgbatị echiche | 14 | **Ihe omume 4** |
| 8 | Nchabi na ndebiri | 15 | |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | Nkụzigharị | 16 | |
| | Ule | 17 | |
| | **Mgbakọ** | 18 | |

**Ka a ga-esi rite elele ihe ọmụmụ a**

N'ụdị ihe ọmụmụ a, yunit nkụzi na-anọchi anya onye nkụzi mahadum. Uru nke a bara bụ na ọ na-eme ka e nwee ike gụọ ma mee ihe omume dị na ngwa nkụzi etu o si masị onye, n'ebe na oge o ji chọọ. Ya ka o ji dị mkpa na nwata akwụkwọ hụtara nke a dị ka ịgụ ihe nkụzi karịa ige onye nkụzi na klasị. Etu onye nkụzi ga-esi nye nwata akwụkwọ ihe omume na klasị ka akwụkwọ a si nye ya ihe omume ọ ga-eme n'ebe o kwesiri.
A haziri yunit niile n'otu usoro. Isi nke mbụ na yunit ọ bụla bụ mkpọlite isi okwu a ga-akụzi na yunit ahụ, na etu yunit ahụ si metụta nkeji nkụzi ndị ọzọ. Nke na-eso ya bụ Mbunuche. Nke a na-akọwa ihe e kwesiri ịma mà e mechaa ihe ọmụmụ. Ọ dị mkpa ka nwata akwụkwọ na-atụle ntụzi aka n'mbunuche ndị a mgbe ọ na-agụ akwụkwọ a. Ọ gụchaa yunit ọ bụla, o kwesiri ịtụle ma o mejupụtara ebunmobi ndị a ma ọ bụ na o mejupụtaghị ha. Ọ bụrụ na ọ na-eme etu a kwa mgbe, ọ ga-eme ọfụma n'ihe ọmụmụ a.

E nwere ihe omume nke onwe na ngwụcha yunit ọ bụla; ụsa ha dịkwa n'ime ihe ọmụmụ ọ bụla. Ime ihe omume ndị a ga-enyere nwata akwụkwọ aka imejupụta mbunuche yunit ọ bụla ma kwadoo maka ihe omume n'ule ga-eso ya. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ mee ihe omume ọ bụla n'oge kwesiri na yunit ọ bụla. E nwechara atụ e nyere na yunit ọ bụla; kwesiri ịtụle ha ma o rukwute ha.

**Ndị Nkụzi na Nkụzi**

E wepụtara awa asatọ maka ịkụzi ihe ọmụmụ a. A ga-agwa nwata akwụkwọ ụbọchị, oge na ebe a ga-eme nke a tinyere aha na akara ekwe-ntị onye nkụzi. A ga-eme nke a ozigbo e tinyere ya n'òtù nkụzi.
Onye nkụzi ga-amaakị ma dee gbasara ihe omume niile ụmụ akwụkwọ mere; ọ ga-etinye uchu n'ịma ma ha na-aga n'ihu ma ha na-ada ada, ka ha na-enwe nhịamahụ iji hụ na o nyere ha aka n'ebe kwesiri mgbe oge nkụzi ihe ọmụmụ na-aga n'ihu. Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ hụ na o zijeere onye nkụzi ihe omume nke o mere tupu oge e nyere agafee. Ọ ga-amaakị ya ma zighachitere ya ya n'oge na-adịghị anya.
Nwata akwụkwọ kwesiri ịkpọtụrụ onye nkụzi ya n'ekwe-ntị ma ọ bụ na 'e-mail' ma ọ bụrụ na ọ chọọ enyemaka. O kwesikwara ịkpọtụrụ onye nkụzi ya ma ọ bụrụ na:

- ọ ghọtaghị akụkụ ihe ọmụmụ, yunit ma ọ bụ ihe ndị e nyere ya gụọ.
- ihe omume nnwale onwe na-enye ya nsogbu.
- o nwere ajụjụ ma ọ bụ na ihe omume na-enye ya nsogbu

- ihe onye nkụzi ya kwuru banyere ihe omume ma ọ bụ banyere maakị e nyere ya n'ihe omume ya.

Nwata akwụkwọ ga-agba mbọ gee ndị nkụzi ya ntị. Ọ bụ naanị ohere ka o nwere ịhụ ndị nkụzi ya ihu na ihu ma jụọ ajụjụ ndị a ga-aza ya ozigbo. Ha nwere ike ikwu maka nsogbu ọ bụla ọ na-enwe gbasara ihe ọmụmụ ya. Iji rite elele na nkụzi a, o kwesiri idetu ajụjụ niile o nwere tupu o jebe klasị. Ọ ga-erite nnukwu uru ma o sonye na nkụzi n'uju.
E mere IGB. 222 ka ọ dị njikere maka ịtụle ọdịdị mkpụrụ okwu Igbo site n'ime ka ọ mara etu e si eji mọfim dị iche iche ewube mkpụrụ okwu n'asụsụ Igbo. Mgbe ọ na-emecha Ihe ọmụmụ a, ọ ga-enwe ike kọwaa mọfim na ụdịdị ya nakwa ihe dị iche n'etiti mọfim na nkebi okwu. Ọ ga-akọwali mkpụrụ okwu na ka e si amata mkpụrụ okwu n'asụsụ Igbo. Ọ ga-agụpụta ma kọwaa usoro mmebe okwu dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo.
A na-atụ anya na obi ga-atọ nwata akwụkwọ ụtọ ka ọ na-eme ihe ọmụmụ a. Ya gazie.

**MAIN COURSE**

**NDỊNA**

| | | |
|---|---|---|
| **Modul 1** | **Mọfọlọji ……………………………………………….** | **1** |
| Yunit 1 | Gịnị bụ mọfọlọji?.................................................. | 1 |
| Yunit 2 | Mkpụrụ okwu………………………………………. | 6 |
| **Modul 2** | **Mọfim………………………………………………..** | **15** |
| Yunit 1 | Gịnị bụ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ echiche?………….. | 15 |
| Yunit 2 | Njirimara mọfim n'asụsụ Igbo……………………… | 20 |
| **Modul 3** | **Ụdịdị mọfim…………………………………………….** | **25** |
| Yunit 1 | Mọfim nnọrọ onwe…………………………………... | 25 |
| Yunit 2 | Mọfim ndabe…………………………………………. | 30 |
| **Modul 4** | **Usoro mwube okwu** I……………………………….. | 41 |
| Yunit 1 | Mgbakwụnye nsina ngwaa………………………………. | 41 |
| Yunit 2 | Mbite…………………………………………………. | 47 |
| Yunit 3 | Okwu ọhụrụ na ngwakọ……………………………… | 54 |
| Yunit 4 | Ejima okwu…………………………………………… | 58 |
| Yunit 5 | Nkwụkọ………………………………………………. | 63 |
| Yunit 6 | Nsina okwu njakịrị na okwu ọkpụ ………………….. | 69 |
| Yunit 7 | Nsina usoro okwu na mgbatị echiche………………... | 73 |
| Yunit 8 | Nchabi na ndebiri…………………………………….. | 77 |

# MODUL 1 MỌFỌLỌJI

Yunit 1 Gịnị bụ mọfọlọji?
Yunit 2 Mkpụrụ okwu

## YUNIT 1 GỊNỊ BỤ MỌFỌLỌJI?

**Ndịna**

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 1.3.1 Gịnị bụ mọfọlọji?
 1.3.2 Uru mọfọlọji bara
1.4 Nchịkọta
1.5 Nrụtụaka/Ngumi
1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### 1.1 Mkpọlite

N'ihe ọmụmụ a, a ga-akọwa ihe mọfọlojị pụtara malite n'etu e si nweta ya bụ okwu n'amụmamụ asụsụ. Oge ụfọdụ, a na-enwe mgbagwoju anya n'ịkọwa ngalaba amụmamụ asụsụ dị iche iche. Ihe ọmụmụ a ga-ewepụ ụdị mgbagwoju anya a n'ihi na ọ ga-akpọlite ihe a na-elebagasị anya na ngalaba mọfọlojị. Na nkeji nkụzi a, a ga-akọwa ihe a na-eme na ngalaba mọfọlọji, uru mọfọlọji bara n'amụmamụ asụsụ na etu mọfọlọji si metụta ngalaba lingwistiks ndị ọzọ dị ka akpọmakpọ/fonọlọji, usoro okwu na echiche.

### 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na nwa akwụkwọ ga-enwe ike

- kọwaa ka e si nweta mọfọlọji
- kọwaa ihe mọfọlọji pụtara na uru ọ bara

### 1.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 1.3.1 Gịnị bụ mọfọlọji?

Mọfọlọji bụ mkpụrụ okwu e si n'asụsụ Griik nweta nke pụtara 'ọdịdị'. Onye mbụ jiri ya rụọ ọrụ n'amụmamụ ndụ (bayọlọji) bụ Goethe na senchuri 19. E mesiri webata ya bụ okwu n'amụmamụ sayensị asụsụ dị ka ngalaba na-ahụ maka ọdịdị mkpụrụ okwu n'ọnọdụ dị iche iche. Haspelmath (2010:1) kọwara na mọfọloji, dị ka ngalaba sayensị asụsụ, kachasị ochie n'amụmamụ asụsụ n'ihi na a malitere amụmamụ asụsụ site n'ileba anya n'ọdịdị mkpụrụ okwu n'asụsụ Griik na Latin. N'oge ahụ, a na-ewe grama dị ka ọdịdị mkpụrụ okwu n'asụsụ. Ugbu a, mọfọloji bụ otu ngalaba n'amụmamụ asụsụ, nke na-atụpụta usoro e si eleba anya n'ọdịdị mkpụrụ okwu. Fromkin, Rodman na Hyams (2011:81) kọwara na mọfọloji bụ amụmamụ gbasara ọdịdị mkpụrụ okwu na iwu na-achịkwa usoro mwube mkpụrụ okwu. Ọ na-akọwakwụ ihe mmadụ mara gbasara mkpụrụ okwu n'asụsụ ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka Iloene (2011) ji kọwaa na mọfọlọji Igbo na-akọwa ọdịdị mkpụrụ okwu Igbo, iwu na usoro dị iche iche na-achịkwa mmebe okwu n'asụsụ Igbo (hụkwa Yule 1996).

Site n'ihe a kọwarala, a ga-aghọta na mọfọlọji bụ amụmamụ na-eleba anya n'usoro mwube mkpụrụ okwu n'asụsụ dị iche iche. Ọ na-eleba anya n'usoro e si eji mọfim emebe mkpụrụ okwu. Ọ bụ ya mere e jikwazị akọwa mọfọloji dị ka amụmamụ mọfim n'asụsụ. Mọfim bụ mpekele echiche nke a na-enweghi ike igbuda egbuda. Mọfim dikarịsịrị mkpa n'amụmamụ mọfọlọji n'ihi na ọ bụ ya ka e ji emebe mkpụrụ okwu. E wezuga mọfim, a gaghị enwe mkpụrụ okwu.

Mkpụrụ okwu ọ bụla nwere ọdịdị na usoro a gbasoro wube ya. Ọdịdị na usoro mwube okwu dị iche site n'otu asụsụ ruo n'ọzọ. Ọ bụ nke a ka a na-eleba anya oge a na-atụle mkpụrụ okwu. Iji maa atụ, na mkpụrụ okwu a bụ 'nri', e nwere ike ịsị na o nwere akụkụ abụọ *n* na *ri*. Akụkụ nke mbụ e degọrọ edegọ bụ nganihu ebe nke abụọ bụ ngwaa. Oge a na-atụle mkpụrụ okwu, a ga-akọwa na a gbakwụnye 'n-' na '*ri*', e nweta okwu ọzọ bụ *nri*. Okwu e nwetara ugbu a bụ mkpọ aha. Site na nkọwa a, a ga-aghọta na amụmamụ mọfọlọji na-akọwakarị etu e si egbuda mkpụrụ okwu iji gosi akụkụ ya dị iche iche na iwu na-achịkwa etu akụkụ mkpụrụ okwu na ibe ya si anọkọ ọnụ na mkpụrụ okwu a na-ekwu maka ya. Akụkụ mkpụrụ okwu bụ okwu pekarịsịrị mpe nke a na-akpọ mọfim. N'ọmụma atụ e nyerela, e nwere ike ịsị na '*n*' na '*ri*' bụ mọfim n'otu n'otu.

Amụmamụ mọfọlọji na-atụle usoro mkpọpụta mọfim n'asụsụ. Ụfọdụ oge, otu mọfim na-enwe ụzọ abụọ ma ọ bụ karia e nwere ike isi kpọpụta ya. Lee ọmụma atụ ndị a:

(1) a. ri-**ri**

b. kụ-**rụ**

ch. je-**re**
d. ma-**ra**

N'atụ ndị a, *-ri,-rụ,-re* na *-ra* bụcha otu mọfim n'ihi na ha niile na-ezipụta otu echiche, ya bụ tẹnsị ndịnazụ. Ha niile yikwazịrị n'ihi na ha nwere 'r'. Ọ bụ naanị ụdaume. na-eso 'r' mere usoro mkpọpụta ha dị iche iche. Iwu na-achịkwa nke a bụ ndakọrịta ụdaume. Ọ bụ amụmamụ mọfọloji na-akọwa ka okwu si yi onwe ha na etu ha sị dị iche n'ibe ha ka n'ọdịdị ka n'usoro mkpọpụta.

N'amụmamụ mọfọlọji, a na-elebakwazị anya n'ụzọ dị iche iche e si enweta okwu ọhụrụ n'asụsụ dị ka etu asụsụ si ebite okwu n'asụsụ ọzọ na etu e si emebete okwu iji zipụta echiche ma ọ bụ nka n'ụzụ gbara ọhụrụ. Nke a dị mkpa ka asụsụ na-eto. Site n'atụ e nyerela, a ga-achọpụta na mọfọlọji dị ka ngalaba sayensị asụsụ na-elaba anya n'ọdịdị mkpụrụ okwu site n'ịtụle ụzọ dị iche iche e si jikọ mọfim abụọ ma ọ bụ karịa wee wube mkpụrụ okwu na-akwa iwu na-achị nke a n'asụsụ dị iche. N'ihe ọmụmụ a, a ga-agbado ụkwụ na nkọwa wee tụlee asụsụ Igbo.

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Kọwaa mọfọloji dị ngalaba lingwistiks |

### 1.3.2 Uru mọfọlọji bara

Ọ dị mkpa ka a mara akparamagwa asụsụ mba ụwa dị iche iche dị ka o si metụta mwube mkpụrụ okwu. Dị ka o si metụtụta asụsụ Igbo, amụmamụ mọfọlọji bara uru n'ụzọ ndị a.

i. Ọ na-enye aka ịghọta ka e si ewube okwu ọhụrụ site na ndị dịbụ adị
ii. Ọ na-enye aka n'ịchọpụta mgbakwụnye dị iche iche e nwere n'Igbo na ọrụ ha na-arụ n'asụsụ dị ka ngosi oge (tẹnsị), ngawanye (aspekt), njụ, dg.
iii. Ọ na-enye aka ịmata ebe mkpụrụ okwu ụfọdụ kwesiri ịnọ n'ahịrị okwu
iv. Ọ na-egosipụta ụdịdị mọfim e nwere n'asụsụ Igbo
v. Ọ na-akọwa etu okwu abụọ yiri onwe ha si dị iche dị ka *riri, rie, riela* dg.
vi. E nwere iwu dị iche iche na-achịkwa usoro mwube mkpụrụ okwu (dị ka mkpọ aha, ngwaa, nkọwa dg.); amụmamụ mọfọlọji ga-eziputa iwu ndị a ma mee ka a mụta ma tinye ha n'ọrụ.

**Nnwale onwe 2**

| |
|---|
| 2. Depụta uru ise mọfọloji bara. |

## 1.4 Nchịkọta

Na nkeji nkụzi a, a kọwara mọfọlọji dị ka ngalaba sayensị amụmamụ asụsụ nke na-akọwa etu e si eji mọfim ewube mkpụrụ okwu nakwa iwu na-achịkwa usoro e si eme nke a. A kowara uru amụmamụ mọfọlọji bara dị ka ịkọwa usoro mwube okwu, izipụta ọnọdụ mkpụrụ okwu, ịchọpụta ụdị mọfim e nwere n'asụsụ, ịmata ndịmiche dị n'etiti mọfim abụọ ọ bụ karia yiri onwe ha dg.

## 1.5 Nrụtụaka/Ngumi

Fromkin V, Rodman, R and Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9th edition).* Australia: Wadsworth.

Haspelmath, M. and Andrea D. S. (2001). *Understanding Morphology (2nd edition).* London: Hodder Education.

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Yule, G. (1996). *The Study of Language*. Cambridge: Cambridge University Press.

## 1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### Ụsa nnwale nke mbụ

1. N’amụmamụ ngalaba lingwistiks maqbx sayensị asụsụ, mọfọloji bx ngalaba na-ahụ maka ọdịdị mkpụrụ okwu n’ọnọdụ dị iche iche.

### Ụsa nnwale nke abụọ

2. Amụmamụ mọfọlọji bara uru n’ụzọ ndị a:

- Ọ na-enye aka ịghọta ka e si ewube okwu ọhụrụ site na ndị dịbụ adị
- Ọ na-enye aka n’ịchọpụta mgbakwụnye dị iche iche e nwere n’Igbo na ọrụ ha na-arụ n’asụsụ dị ka ngosi oge (tẹnsị), ngawanye (aspekt), njụ, dg.
- Ọ na-enye aka ịmata ebe mkpụrụ okwu ụfọdụ kwesiri ịnọ n’ahịrị okwu
- Ọ na-egosipụta ụdịdị mọfim e nwere n’asụsụ Igbo
- Ọ na-akọwa etu okwu abụọ yiri onwe ha si dị iche dị ka *riri, rie, riela* dg.
- E nwere iwu dị iche iche na-achịkwa usoro mwube mkpụrụ okwu (dị ka mkpọ aha, ngwaa, nkọwa dg.); amụmamụ mọfọlọji ga-eziputa iwu ndị a ma mee ka a mụta ma tinye ha n’ọrụ

# YUNIT 2 MKPỤRỤ OKWU

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 2.3.1 Gịnị bụ mkpụrụ okwu?
 2.3.2 Ụdịdị mkpụrụ okwu
 2.3.3 Njirimara mkpụrụ okwu
2.4 Nchịkọta
2.5 Nrụtụaka/Ngumi
2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 2.1 Mkpọlite

Na nkeji nkụzi nke mbụ, a kọwara na mọfọlọji bụ amụmamụ gbasara etu e si eji mọfim emebe mkpụrụ okwu n'asụsụ dị iche iche. Mkpụrụ okwu dị mkpa n'asụsụ n'ihi na onye ọ bụla na-asụ otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ ga-amarịrị puku kwụrụ puku mkpụrụ okwu, nke ọ ga-eji mebee ahịrị okwu n'usoro ndị na-asụ asụsụ ahụ nabatara (Fromkin, Rodman na Hyams, 2011). Usoro e si emebe mkpụrụ okwu n'asụsụ abụghị ihe a na-agụta n'akwụkwọ. Ọ bụ ọnatara chi ndị nwe asụsụ ime nke a. Ọ bụ naanị ịkọwa usoro ndị a ka ndị ọkaasụsụ nwere ike ime. Nke a na-egosi na mkpụrụ okwu dị mkpa n'amụmamụ asụsụ. Ya mere e ji eleba anya n'etu ndị nwe asụsụ si emebe mkpụrụ okwu site n'ijikọ mọfim dị iche iche. Na nkeji nkụzi nke a, a ga-akọwa ihe mkpụrụ okwu pụtara site n'ileba anya n'ihe ndị ọkaasụsụ kwurula gbasara mkpụrụ okwu, ụdịdị mkpụrụ okwu nakwa ụzọ dị iche iche e si amata ekwurekwu e nwere ike iwe dị ka mkpụrụ okwu dị ka o si metụta asụsụ Igbo.

## 2.2 Na ngwụcha nkuzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

- kọwaa mkpụrụ okwu n'uju
- kọwaa ụdịdị mkpụrụ okwu e nwere n'Igbo ma nye ọmụma atụ dabara nke ọma
- zipụta ihe ndị a tụrụ anya na onye ma mkpụrụ okwu Igbo kwesiri ịma gbasara mkpụrụ okwu ọ bụla ọ mara.

## 2.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 2.3.1 Nkọwa mkpụrụ okwu

Ọ bụrụ na a sị na mmadụ ma otu mkpụrụ okwu ma ọ bụ nke ọzọ, gịnị ka ọ pụtara? Nke a bụ ajụjụ ndị ọkaasụsụ na-ajụkarị oge ọ bụla a na-atụle ihe mkpụrụ okwu pụtara? Ajụjụ a nwere ọsịsa dị iche iche etu ndị ọkaasụsụ si dị iche iche. N'ihi nke a, o nweghi otu nkọwa izugbe onye ọ bụla nabatara dị ka nkọwa mkpụrụ okwu. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ụfọdụ nkọwa ndị a:

Ndịmele (1999) kọwara mkpụrụ okwu dị ka okwu pekarịsịrị mpe nwere ike ịkwụrụ onwe ya, nwee echiche, na-arụ ọrụ n'ụtọ asụsụ ma nwee usoro mkpọpụta nke aka ya. Nke a pụtara na mkpụrụ okwu ga-enweriri echiche ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya. Ọ nwekwazịrị ike ịrụ ọrụ dị iche iche n'ụtọ asụsụ dị ka mkpọ aha, nnọchi aha, ngwaa dg. Ọ bụ n'ihi nke a ka e ji nwee nkeji asụsụ dị iche iche.

N'aka nke ọzọ, Crystal (2008) kọwara mkpụrụ okwu dị ka mperimpe ekwurekwu ndị niile nwe asụsụ nwere ike ịmata oge ha na-ekwu okwu ma ọ bụ na-ede ihe n'asụsụ a na-ekwu maka ya. Nke a pụtara na ọ dị mfe ịmata mkpụrụ okwu n'asụsụ mmadụ mara anya ya. N'aka nke ọzọ, ọ na-esiri onye na-amụ asụsụ ọhụrụ ike ịmata ebe otu mkpụrụ okwu bidoro ma ọ bụ jedebe maka na okwu niile ọ na-anụ na-adakọrịta n'ụzọ na-agbagwoju anya. Ọ bụ n'ihi nke a ka o ji dị mkpa na onye na-amụ otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ ga-amalite site n'ịmụ mkpụrụ okwu e nwere n'asụsụ ahụ.

Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwakwazịrị na mkpụrụ okwu bụ otu mkpụrụ echiche ma ọ bụ karịa nke nwere nghọta ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya. Nke a pụtara na otu mọfim dị ka 'a' nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu n'asụsụ Igbo. N'Igbo 'a' nwere ike ịkwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụ okwu oge ọ bụ nnọchi aha ma ọ bụ nrụmaka. Mkpụrụ okwu nwekwazịrị ike inwe mọfim abụọ ma ọ bụ karịa dị ka *n-gwu, kwe-re-la,* dg.

E lee anya na nkọwa ndị a niile, a ga-achọpụta na o nwere ebe ha yiri onwe ha. Ha niile kwekọrịtara na (a) mkpụrụ okwu ga-enweriri echiche; (b) ọ ga-akwụnwuru onwe ya n'adabeghi n'okwu ọzọ (ch) o nwere ike ịbụ otu mọfim ma ọ bụ karịa (d) ọ na-arụ ọrụ dị iche iche n'ụtọ asụsụ.

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Site n'ihe ndị odee dere gbasara mkpụrụ okwu, kọwaa ihe mkpụrụ okwu pụtara. |

### 2.3.2 Ụdịdị mkpụrụ okwu

Site na nkọwa e nyerela, a ga-achọpụta na etu akparamagwa mkpụrụ okwu sị dị iche si n'otu asụsụ ruo n'asụsụ ọzọ ka nkọwa ya sikwa dị. Ọ bụ n'ihi nke a ka Crystal (2008) ji kwuo na otu nkọwa ezughi ịkọwa ọdịdị mkpụrụ okwu n'asụsụ dị iche iche. E nwere ụzọ ihe anọ e nwere ike ịgbado ụkwụ wee kọwaa mkpụrụ okwu. Ha bụ usoro edide, usoro mkpọpụta, ọdịdị na nzipụta echiche (tụnyere Nwankwegu, 2013). A gbado ụkwụ na nke a, a ga-enweta ụdịdị mkpụrụ okwu ndị a:

(a) mkpụrụ okwu ke-edide/ke-ọtọgrafi
(b) mkpụrụ okwu ke-akpọmakpọ:
ch) mkpụrụ okwu ke-echiche
(d) mkpụrụ okwu ke-ọdịdị

(a) **Mkpụrụ okwu ke-edide/ke-ọtọgrafi:** Nke a bụ mkpụrụ okwu a na-amata site n'ụzọ e si dee ya. A na-ede otu mkpụrụ okwu ma nye ohere tupu e dee ọzọ iji gosi na nke ọ bụla bụ mkpụrụ okwu n'onwe ya, ịma atụ:

1(a) Uche zụtara akwa oche n'ahịa Mkpọọ
(b) Ada sere Uche foto na Nkwọ Imirike

N'ahịrị okwu ndị a, e nwere mkpụrụ okwu asaa n'otu n'otu ma a gbado ụkwụ n'usoro edide n'ihi na nke ọ bụla nwere ohere n'akụkụ ya naabọ iji gosi na ọ nọrọ onwe ya. Ọ bụ naanị n'usoro edide ka a na-agbado ụkwụ agụ nke a.

**(b) Mkpụrụ okwu ke-akpọmkpọ**: N'ebe a, a na-agbado ụkwụ na nkebi mkpọpụta amata mkpụrụ okwu. Oge a na-akpọpụta mkpụrụ okwu ndị mebere otu ahịrị okwu, a na-enwe nkebi mkpọpụta n'agbata otu mkpụrụ okwu na ibe ya. Nke a na-egosi ebe otu mkpụrụ okwu jedebere na ebe nke ọzọ malitere. A gbado ụkwụ na 1a, a ga-enwetazu mkpụrụ okwu asaa na nke ọ bụla.

**(ch) Mkpụrụ okwu ke-echiche**: N'ebe a, a na-agbado ụkwụ n'echiche ahọpụta mkpụrụ okwu e nwere n'asụsụ. Ọ na-akọwa na otu mkpụrụ okwu kwesiri inwe naanị otu ọnụ echiche. N'ihi nke a, ọ bụrụ na mkpụrụ okwu nwere otu echiche, ọ bụrụ otu mkpụrụ okwu; mana ọ bụrụ na o nwere echiche abụọ, a sị na ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ dg. Ọmụma atụ

| | | | |
|---|---|---|---|
| (1) | a. | éké | 'ụdị agwọ' |
| | b. | éké | 'onye uwe ojii' |
| | ch. | ḿkpú | 'ube' |
| | d. | ḿkpú | 'ụlọ arụrụ' |
| | f | òtù | 'mmadụ ole na ole nwere otu mbunuche' |
| | g | òtù | 'etu' |

N'ebe a 'eke', 'mkpu' na 'otu' bụcha mkpụrụ okwu abụọ abụọ n'ihi na ha na-eziputa echiche abụọ n'otu n'otu.

**(d) Mkpụrụ okwu ke-ọdịdị:** Nke a bụ ụdị mkpụrụ okwu ebe a na-agbado ụkwụ naanị n'ọdịdị wee na-achọpụta mkpụrụ okwu n'asụsụ. N'ebe a, a na-ewe na ọdịdị mkpụrụ okwu nke ọ bụla pụrụ iche n'ọdịdị mkpụrụ okwu ndị ọzọ. Nke a pụtara na mkpụrụ okwu ọ bụla nwere ọdịdị nke ya. Mkpụrụ okwu dị iche na nsụpe ma ọ bụ ụdaolu, mara na ha bụcha mkpụrụ okwu n'otu n'otu. Na-elekwasị anya n'echiche. Ịma atụ

(2) a. ọ̀gọ̀ 'ebere'
b. ọ́gọ̀ 'nwa nne/ndị di ma ọ bụ nwunye nwa'
ch. ézè 'onye ndu'
d. ézé 'akụkụ ahụ e ji ata ihe
e. ri-ri 'ri n'oge gara aga'
f. ri-e-la 'rigo'

**Nnwale onwe 2**

| |
|---|
| 2. Jiri atụ dabara ọfụma kọwaa ụdị mkpụrụ okwu e nwere n'Igbo. |

### 2.3.3 Njirimara mkpụrụ okwu

Nwankwegu (2013) gbadoro ụkwụ n'echiche Ndimele (1999) na Crystal (2008) wee tụpụta ụzọ e nwere ike gbasoro wee chọpụta ekwurekwu e nwere ike ịkpọ mkpụrụ okwu n'asụsụ. Ha bụ:

**(a) Usoro nnọrọ onwe:** Nke a na-egosi na okwu ọ bụla pekarịsịrị mpe, nwee ike ịkwụrụ onwe ya ma nwee echiche bụ mkpụrụ okwu. Usoro a si n'aka Bloomfield (1933). Ọ na-akọwa na tupu a kpọọ okwu ọ bụla mkpụrụ okwu na ọ ga-enwe ike ịkwụrụ onwe ya ma nwee echiche zuru oke. Ọ ga-akwụli n'onwe ya ka n'ọdịdị ka n'echiche. Nke a pụtara na mgbakwụnye abụghị mkpụrụ okwu dị ka a-/e- (mme-ka-ngwaa), i-/ị- (mfinitivu), -ghi (njụ) dg. Ọ pụtakwazịrị na ọ ga-esi ike ịkọwa okwu ndị a na-ahụ dị ka mkpụrụ okwu n'ihi na echiche ha anaghị apụtacha ihe ma ọ bụ kwụrụ onwe ha.

**(b) Usoro mgbochi ntinye**: Nke a na-akọwa na mkpụrụ okwu bụ ọgbara mkpụrụ echiche nke na a gaghị etinyenwu ihe ọ bụla n'agbata ya oge a na-ekwu okwu ghara imebi echiche ya. Ọmụma atụ:

(3) a. ụlọ akwụkwọ (3b) *akwụụlọkwọ
(4) a. ogologo osisi (4b) *osiogologosi

Atụ ndị a na-egosi na oge ọ bụla e tinyere okwu ọhụụ n'agbata otu mkpụrụ okwu, ọ ga-emebi echiche ya ma ọ bụ gbanwee ya ka ọ bụrụ okwu ọzọ.

**(ch) Usoro nkwụdo n'ọgbara:** Nke a na-akọwa na okwu ọ bụla a ga-akpọ mkpụrụ okwu ọkachasị mkpụrụ okwu ùkwù, anaghị enye ohere ka a hazigharịa etu ọ dị n'ọgbara n'emebighi echiche ya.

Nke a pụtara na ọdịdị mkpụrụ okwu dị chịm, nke na e nwere ike si n’otu ebe wega ya ebe ọzọ n’ahịrị okwu mana a gaghị ewepụli akụkụ ya si n’otu ebe gaa n’ebe ọzọ na mkpụrụ okwu ahụ. Ọmụma atụ:

(5) a. ezumike ‘*ikeezum’
b. A chọrọ m **ezumike**
ch. **Ezumike** ka m chọrọ

(6) a. amamihe ‘*iheamam’
b. Ọ bụ onye oke **amamihe.**
ch. Onye oke **amamihe** ka ọ bụ.

N’atụ 5a na 6a, mbugharị e bugharịrị akụkụ mkpụrụ okwu mere ka echiche ha mebie. Ọ dịghị etu a oge ebugharịrị mkpụrụ okwu ahụ n’onwe ya dị ka e si gosi n’ atụ ndị ọzọ.

**(7) Usoro nkebi na mkpọpụta:** N’usoro a, a na-agbado ụkwụ na nkebi ekumume a na-enwe n’agbata otu mkpụrụ okwu na ibe ya. A kọwatụla nke a oge e kwuru maka mkpụrụ okwu ke-akpọmakpọ na mkpụrụ okwu ke-ọtọgrafi. Oge a na-akpọpụta mkpụrụ okwu, a na-akwụsịtụ na mbido na njedebe ya iji kurutụ ume tupu a kpọrọ gawa n’ihu. Nke a na-enye aka ime ka okwu e kwuru nwee echiche.

Site n’usoro ndị a kọwarala n’ebe a, onye na-asụ asụsụ, tụmadị asụsụ Igbo, ga-enwe ike chọpụta mkpụrụ okwu oge a na-ekwu okwu. E wezuga ihe ndị a, onye ọ bụla sị na ọ ma mkpụrụ okwu e nwere n’asụsụ Igbo ma ọ bụ asụsụ ọ bụla kwesiri ịma ihe ndị a: usoro mkpọpụta, nkeji asụsụ, ọdịdị, echiche na nsina ọnọdụ mkpụrụ okwu ahụ.

**(i) Usoro mkpọpụta mkpụrụ okwu**: Nke a gụnyere ịma etu e si akpọpụta mkpụrụ okwu n’ọnọdụ ọ bụla. Oge mmadụ na-amụ mkpụrụ okwu, ọ na-amụkwazị usoro mkpọpụta ya. Nke a na-enyere ya aka itinye ya n’ahịrị okwu etu kwesiri. Onye ma mkpụrụ okwu dị ka *éwú, àchịchà, odogwu* ga-ama etu ndị nwe asụsụ si akpọpụta ha ọkachasị iwebata ụdaolu etu o kwesiri. Onye ahụ kwesịkwazịrị ịma nkeji okwu ole nke ọ bụla n’ime ha nwere.

**(ii) Ọdịdị mkpụrụ okwu**: Ọmụma mkpụrụ okwu gụnyere ịma ọdịdị ya dị ka mọfim ole mebere ya bụ mkpụrụ okwu. Onye ma mkpụrụ okwu Igbo kwesiri ịma na *ewu* bụ otu mọfim mana *Obinna* nwere mọfim abụọ.

**(iii) Nkeji asụsụ nke mkpụrụ okwu dị na ya**: Onye na-asụ Igbo ịma mkpụrụ okwu gụnyere onye ahụ ịma nkeji asụsụ mkpụrụ okwu dị na ya. Onye ọ bụla ma asụ asụsụ ga-etinyeli mkpụrụ okwu n’ebe ọ dabara n’ahịrị okwu. Oge ọ bụla onye na-asụ Igbo ma ọ bụ asụsụ ọ bụla tinyetara mkpụrụ okwu n’ebe o kwesiri n’ahịrị okwu, ọ na-egosi na onye

ahụ mara ọrụ mkpụrụ okwu ahụ na-arụ n'ahịrị okwu. Nke a pụtakwazịrị na ọ ma nkeji asụsụ ọ dabara na ya.

**(iv) Echiche mkpụrụ okwu**: Onye ọ bụla ma mkpụrụ okwu n'asụsụ ọ bụla ga-ama echiche niile mkpụrụ okwu ahụ nwere n'asụsụ ahụ. Nke a ga-enyere ya aka oge o ji ya arụ ọrụ n'asụsụ. Ọ ga-agbalị ịhụ na ọ na-ezipute echiche kwesiri ebe ọ bụla o tinyere ya n'ahịrị okwu.

(v**) Nsina ọnọdụ mkpụrụ okwu:** Ọ bụghị naanị echiche mkpụrụ okwu dị mkpa n'ịmata mkpụrụ okwu; ọ dịkwa mkpa ịma mgbe e kwesiri iwebata echiche ọ bụla mkpụrụ okwu nwere n'ahịrị okwu. Ọmụma atụ, n'asụsụ Igbo, *eke* nwere ike ịbụ *ụdị agwọ* ma ọ bụ *onye uwe ojii*. Ọ bụ site n'ọnọdụ ka okwuu ga-eji mata nke ọ chọrọ izipụta oge ọ na-ekwu okwu.

**Nnwale onwe 3**

| |
|---|
| 3. Depụta ụzọ e si amata mkpụrụ okwu. |

## 2.4 Nchịkọta

N'ihe ọmụmụ a, a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị ọkaasụsụ kwuru wee kọwaa mkpụrụ okwu. E kwuru na o nweghi otu nkọwa zuru oke ịkọwa mpụtara mkpụrụ okwu kpọm kwẹm n'ihi na akparamagwa ya dị ọtụtụ ma dịkwa iche iche etu asụsụ si dị ụbara. A gbadokwazịrị ụkwụ n'akparamgwa mkpụrụ okwu n'asụsụ wee wepụta ụdịdị mkpụrụ okwu e nwere n'asụsụ Igbo. Ha bụ mkpụrụ okwu ke-edide, ke-akpọmakpọ, ke-ọdịdị na ke-echiche. E nwekwazịrị ihe ndị a tụrụ anya na onye ọ bụla ma mkpụrụ okwu asụsụ ọ bụla tụmadị asụsụ Igbo kwesiri ịma. Ha bụ usoro mkpọpụta, ọdịdị, nkeji okwu, echiche na nsina ọnọdụ mkpụrụ okwu.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngumi


Bloomfield, L. (1933). *Language.* London: George Allen and Unwin.

Fromkin V, Rodman, R na Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9thedition).* Australia: Wadsworth.

Haspelmath, M. na Andrea D. S. (2010). *Understanding Morphology (2nd edition).* London: Hodder Education.

Mbah, B.M, Mbah, E., Ikeokwu, E., Nweze, I., Okeke, C., Ugwuona, C., Eze, E.A, Onu, J., Akaeze, C., Omeje, G. & Uzoigwe, B. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistic and Literary Terms*. Nsukka: University of Nigeria Press

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media

## 2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

Ndịmele (1999) kọwara mkpụrụ okwu dị ka okwu pekarịsịrị mpe nwere ike ịkwụrụ onwe ya, nwee echiche, na-arụ ọrụ n'ụtọ asụsụ ma nwee usoro mkpọpụta nke aka ya. Crystal (2008) kọwara mkpụrụ okwu dị ka mperimpe ekwurekwu ndị niile nwe asụsụ nwere ike ịmata oge ha na-ekwu okwu ma ọ bụ na-ede ihe n'asụsụ a na-ekwu maka ya.

**Ụsa nnwale nke abụọ**

**Mkpụrụ okwu ke-edide/ke-ọtọgrafi:** Nke a bụ mkpụrụ okwu a na-amata site n'ụzọ e si dee ya. A na-ede otu mkpụrụ okwu ma nye ohere tupu e dee ọzọ iji gosi na nke ọ bụla bụ mkpụrụ okwu n'onwe ya. Ịma atụ
Uche zụtara akwa oche n'ahịa Mkpọọ

**Mkpụrụ okwu ke-akpọmkpọ**: N'ebe a, a na-agbado ụkwụ na nkebi mkpọpụta amata mkpụrụ okwu. Oge a na-akpọpụta mkpụrụ okwu ndị mebere otu ahịrị okwu, a na-enwe nkebi mkpọpụta n'agbata otu mkpụrụ okwu na ibe ya. Nke a na-egosi ebe otu mkpụrụ okwu jedebere na ebe nke ọzọ malitere. A gbado ụkwụ na 1a, a ga-enwetazu mkpụrụ okwu asaa na nke ọ bụla.

**Mkpụrụ okwu ke-echiche**: N'ebe a, a na-agbado ụkwụ n'echiche ahọpụta mkpụrụ okwu e nwere n'asụsụ. Ọ na-akọwa na otu mkpụrụ okwu kwesiri inwe naanị otu ọnụ echiche. Ịma atụ
éké 'ụdị agwọ'

**Mkpụrụ okwu ke-ọdịdị:** Nke a bụ ụdị mkpụrụ okwu ebe a na-agbado ụkwụ naanị n'ọdịdị wee na-achọpụta mkpụrụ okwu n'asụsụ. N'ebe a, a na-ewe na ọdịdị mkpụrụ okwu nke ọ bụla pụrụ iche n'ọdịdị mkpụrụ okwu ndị ọzọ. Ịma atụ
ọ̀gọ̀ 'ebere'

**Ụsa nnwale nke atọ**

**Usoro nnọrọ onwe:** Nke a na-egosi na okwu ọ bụla pekarịsịrị mpe, nwee ike ịkwụrụ onwe ya ma nwee echiche bụ mkpụrụ okwu.

**Usoro mgbochi ntinye**: Nke a na-akọwa na mkpụrụ okwu bụ ọgbara mkpụrụ echiche nke na a gaghị etinyenwu ihe ọ bụla n'agbata ya oge a na-ekwu okwu ghara imebi echiche ya

**Usoro nkwụdo n'ọgbara:** Nke a na-akọwa na okwu ọ bụla a ga-akpọ mkpụrụ okwu ọkachasị mkpụrụ okwu ùkwù, anaghị enye ohere ka a hazigharịa etu ọ dị n'ọgbara n'emebighi echiche ya.

**Usoro nkebi na mkpọpụta:** N'usoro a, a na-agbado ụkwụ na nkebi ekumume a na-enwe n'agbata otu mkpụrụ okwu na ibe ya. A kọwatụla nke a oge e kwuru maka mkpụrụ okwu ke-akpọmakpọ na mkpụrụ okwu ke-ọtọgrafi. Oge a na-akpọpụta mkpụrụ okwu, a na-akwụsịtụ na mbido na njedebe ya iji kurutụ ume tupu a kpọrọ gawa n'ihu.

**Usoro mkpọpụta mkpụrụ okwu**: Nke a gụnyere ịma etu e si akpọpụta mkpụrụ okwu n'ọnọdụ ọ bụla. Oge mmadụ na-amụ mkpụrụ okwu, ọ na-amụkwazị usoro mkpọpụta ya.

# MODUL 2 MỌFIM

Yunit 1 Gịnị bụ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ echiche?
Yunit 2 Mọfim na nkeji okwu

## YUNIT 1 NKỌWA MỌFIM

**Ndịna**

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 1.3.1 Nkọwa Mọfim
 1.3.2 Njirimara Mọfim
1.4 Mmechi
1.5 Nchịkọta
1.6 Nrụtụaka/Ngumi
1.7 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### 1.1 Mkpọlite

Na modul 1, a kọwara na ihe a na-agbado ụkwụ na-atụle usoro mmebe okwu asụsụ ọ bụla, dị ka asụsụ Igbo, bụ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ echiche. Ya ka o ji dị mkpa na a kọwara ihe mọfim pụtara n'uju ka i nwee ike ghọta okwu e nwere ike ịkpọ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ echiche n'asụsụ Igbo. Ya bụ na a ga-akọwa ihe mọfim pụtara, ya na njirimara ya na yunit a dị ka o si metụta Igbo.

### 1.2 Na ngwụcha nkuzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

- kọwaa mkpụrụ okwu n'uju
- kọwaa ụdịdị mkpụrụ okwu e nwere n'Igbo ma nye ọmụma atụ dabara nke ọma
- zipụta ihe ndị a tụrụ anya na onye ma mkpụrụ okwu Igbo kwesiri ịma gbasara mkpụrụ okwu ọ bụla ọ mara.
-

### 1.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 2.3.1 Nkọwa mọfim

Mọfim bụ irighiri okwu nwere echiche mana e nweghi ike ikeri ya ekeri n’emebighi echiche ya. E nwekwazịrị ike ịsị na ọ bụ mperimpe okwu ma ọ bụ okwu pekarịsịrị mpe nwere echiche nke na a gaghị ekeri ya n’agbanweghi ma ọ bụ mebie echiche ya. Mbah na Mbah (2014) kọwara mọfim dị ka irighiri okwu nwere echiche n’ụtọ asụsụ nke a na-enweghi ike igbuda n’emebighi echiche ya bụ okwu (hụkwa Emenanjọ, 1991; Nwankwegu, 2013, Fromkin, Rodman na Hyams, (2009). Site na nkọwa ndị a, ụzọ ihe atọ gbara ọkpụrụkpụ ka e kwesiri ịma gbasara mọfim. Ha bụ:

a. Ọ bụ irighiri okwu/mperimpe okwu
b. Ọ ga-enweriri echiche
ch. A gaghị ekerinwu ya n’emebighi ma ọ bụ gbanwee echiche ya.

Ọ dị mkpa ka e kwuo na isi sekpụ ntị a na-eleba anya na mọfọlọji ma ọ bụ usoro mmebe okwu bụ mọfim. N’ihi nke a, ọ dị mkpa ka onye ọ bụla na-eleba anya na mmebe okwu otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ ghọta ihe mọfim pụtara nakwa okwu ndị e nwere ike ịkpọ mọfim n’asụsụ a na-eleba anya na ya. Iji maa atụ, onye ọ bụla na-asụ Igbo kwesiri ịma ihe dị iche n’okwu ndị a:

(1) si
i-**si**
**si**-e
**si**-ri
**si**-e-la
**si**-be-ghi

E lee anya n’atụ a, a ga-achọpụta na e nwere mmekọrita dị n’etiti okwu ndị a. Ha niile nwere isi ngwaa **si,** nke bụ mgbọrọgwụ echiche ya bụ ùkwù ngwaa. N’ihi nke a, a ga-ewe ya dị ka otu mọfim maka na a gaghị ekerinwu ya n’emebighị echiche ya. Mperimpe okwu ndị ọzọ dabere na **si** bụkwa mọfim ndabe dị iche iche. Ha na-eziputa echiche dị iche iche nke ha na-etinye n’echiche isi ngwaa (**si**). Ọ dị mkpa ka e kwuo na o nwere iwu na-achịkwa mgbakwụnye ndị na-eso **si** n’ihi na a naghị etinye mgbakwụnye n’okwu aghara aghara. Ọ bụ iwu a na-egosi etu mgbakwụnye si eso ibe ya n’ọgbara mkpụrụ okwu. Oge ọ bụla mmadụ hapụrụ iso iwu a ma ọ bụ tinye mgbakwụnye n’ụzọ megidere iwu a, ọ ga-enweta okwu enweghi echiche dị ka n’ọmụma atụ ndị a.

(2) a. *si-i
b. *ghi-si
ch. be-ghi-si

Atụ dị na (2) na-egosi na okwu ndị e wubere enweghi echiche yitere atụ ndị ọzọ dị na (1) maka na a gbasoghi iwu na-achịkwa ntinye mgbakwụnye oge a na-ewube okwu ndị a. Nke a na-egosi n’ezie na o

nwere iwu na-achịkwa etu e si a gbakwụnye mọfim n'isi ngwaa. A ga-eleba anya na nke a oge a ga-akọwa nsina ngwaa.

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Kọwaa mọfịm n'uju. |

### 2.3.2 Ọdịdị/njirimara mọfim n'Igbo

E nwere ụfọdụ ihe e ji ama na okwu bụ otu mọfim ma ọ bụ karịa

a. Mọfim nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu, dị ka, ewu, ezi, ụlọ, anyị dg. A gaghị ekerinwu mkpụrụ okwu ndị a n'emebighi echiche ha.
b. O nwere ike ịbụ isi ngwaa, dị ka, sí, rí, zí, zà, mà.
ch. O nwere ike ibu mgbakwụnye dị iche iche dị ka si-**e,** si-**e-la,** si-**be-ghi, i-** si; **e**-si, **e**-si-**m**-**e**-si.
d. O nwere ike ịbụ nsọkwunye dị iche iche dị ka *cha*, *kwa* dg.
e. O nwekwara ike bụrụ otu mkpụrụ abịchịị dị ka nrụ aka, 'a' na nnochiaha, dị ka, i, ị, ọ, o dg.

**Nnwale onwe II**

| |
|---|
| 2. Depụta njirimara mọfịm ise |

## 2.4 Nchịkọta

N'ihe ọmụmụ a, a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị ọkaasụsụ deelara wee kọwaa mọfim. E kwuru na ụzọ ihe atọ gbara ọkpụrụkpụ e kwesiri ịma gbasara mọfim bụ na (a) ọ bụ mperimpe okwu (b) ọ ga-enweriri echiche, (ch) A gaghị egbudali ya n'emebighi ma ọ bụ gbanwuo echiche ya. E zipụtakwazịrị ọdịdị mọfim Igbo. E kwuru na o nwere ike ịbụ mkpụrụ okwu, mgbakwụnye, isi ngwaa, nsọkwụnye ma ọ bụ mkpụrụ abịchịị mana ha niile ga-enwe echiche.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngumi

Fromkin V, Rodman, R na Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9th edition).* Australia: Wadsworth.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014) *Atụmatụ Amụmamụ Asụsụ.* University of Nigeria Press Ltd, Enugu.

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọ asụsụ Igbo Izugbe*. Lagos: Longman.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media

## 2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### Ụsa nnwale nke mbụ

1. Mọfim bụ irighiri okwu nwere echiche mana e nweghi ike ikeri ya ekeri n'emebighi echiche ya. E nwekwazịrị ike ịsị na ọ bụ mperimpe okwu ma ọ bụ okwu pekarịsịrị mpe nwere echiche nke na a gaghị ekeri ya n'agbanweghi ma ọ bụ mebie echiche ya. Mbah na Mbah (2014) kọwara mọfim dị ka irighiri okwu nwere echiche n'ụtọ asụsụ nke a na-enweghi ike igbuda n'emebighi echiche ya bụ okwu.

### Ụsa nnwale nke abụọ

2. E nwere ụfọdụ ihe e ji ama na okwu bụ otu mọfim ma ọ bụ karịa

- Mọfim nwere ike ịbụ otu mkpụrụ okwu, dị ka, ewu, ezi, ụlọ, anyị dg. A gaghị ekerinwu mkpụrụ okwu ndị a n'emebighi echiche ha.
- O nwere ike ịbụ isi ngwaa, dị ka, sí, rí, zí, zà, mà.
- ch. O nwere ike ibu mgbakwụnye dị iche iche dị ka si-**e,** si-**e-la,** si-**be-ghi, i-** si; **e**-si, **e**-si-**m-e**-si.
- O nwere ike ịbụ nsọkwunye dị iche iche dị ka *cha*, *kwa* dg.
- O nwekwara ike bụrụ otu mkpụrụ abịchịị dị ka nrụ aka, 'a' na nnochiaha, dị ka, i, ị, ọ, o dg.

# YUNIT 2 MỌFỊM NA NKEJI OKWU

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwẹm
2.3.1 Mọfim na nkeji okwu
2.3.2 Myiri n'etiti mọfim na nkeji okwu
2.3.3 Ndịmiche n'etiti mọfim na nkeji okwu
2.4 Nchịkọta
2.5 Nrụtụaka/Ngumi
2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 2.1 Mkpọlite

Na yunit nke a, a ka elebachara anya, a kọwara mọfim n'uju nakwa okwu ndị e nwere ike ịkpọ mọfim. Nke a bụ iji hụ na ị ga-enwe ike ịchọpụta mọfim ma ọ bụ gbudaa mkpụrụ okwu iji gosipụta mọfim mejupụtara ya. N'agbanyeghi nke a, i nwere ike inwe mgbagwoju anya oge ụfọdụ ịma okwu i nwere ike ịkpọ mọfim na nke ị ga-akpọ nkeji okwu. N'ihi nke a, a ga-eleba anya n'ihe dị iche n'etiti mọfim na nkeji okwu n'asụsụ Igbo.

## 2.2 Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

- Tụlerịta mọfim na nkeji okwu
- Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa myiri na ndịmiche dị n'etiti mọfim na nkeji okwu

## 2.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 2.3.1 Nkọwa mọfim

**Mọfim na nkeji okwu**

E nwere ndịmiche dị n'etiti mọfim na nkeji okwu. A kọwara mọfim dị ka irighiri okwu nwere echiche, nke a gaghị ekerinwu n'emebighi

echiche ya. Otu ihe gbara ọkpụrụkpụ na nkọwa mọfim bụ na ọ ga-enweriri echiche. N'ihi ya, ọ bụ n'echiche ka a na-agbado ụkwụ achọpụta mọfim. Okwu dị ka *isi, aka, ụkwụ, osisi, ogologo, amụma,* wdg bụcha mọfim n'ihi na ha nwere echiche nke aka aha n'otu n'otu. A gaghị egbudanwu ha n'emebighi echiche ha.

Nkeji okwu, n'aka nke ọzọ, bụ otu nkebi mkpọpụta okwu. A na-agbado ụkwụ n'ekumume na-agụ nkeji okwu. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Okwu na-adapụta n'olu n'olu oge a na-ekwu okwu. Ya mere na ọ na-enwe ụdaolu. Otu nkeji okwu na-abụkarị ma ọ bụ mgbochi-ume na ụdaume. na-eso ya ka o wee kwe mkpọpụta. Ọ bụ ekumume na-enye aka ịgụta nkeji ole mebere otu mkpụrụ okwu. Ọ na-enyekwazị aka n'itinye ụdaolu n'ebe kwesiri n'okwu ọ bụla. Ya mere e ji kwuo na nkeji okwu ọ bụla na-ebu ụdaolu. Etu o sila dị, ọ bụghị iwu na nkeji okwu ga-enwe echiche. Oge ọ bụla nkeji okwu nwere echiche, mara na ọ bụ nkeji okwu ma bụrụkwa mọfim. Ọmụma atụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (1) | a. | Mkpọ aha: | *di, nwa,* |
| | b. | Ngwaa: | *nọ, bi, dị* |
| | ch. | Nnọchi aha: | *ha, i/ị, ọ/o* dg. |

**Nnwale onwe 1**

1. Kọwaa mọfịm na nkeji okwu na nke nke

**2.3.2 Myiri n'etiti Mọfim na Nkeji okwu**

Mọfim na nkeji okwu yiri onwe ha n'ihi na oge ụfọdụ, nkeji okwu na-enwe echiche etu mọfim si enwe echiche. N'ọnọdụ a, otu mọfim na-abụkarị otu nkeji okwu dị ka ọ dị n'atụ ndị a na-esote.

| | | | |
|---|---|---|---|
| (2) | di | (otu mọfim) | (otu nkeji okwu) |
| | nwa | (otu mọfim) | (otu nkeji okwu) |
| | Chi | (otu mọfim) | (otu nkeji okwu) |
| | nọ | (otu mọfim) | (otu nkeji okwu) |
| | bi | (otu mọfim) | (otu nkeji okwu) |

Okwu ndị a niile bụ otu mọfim otu mọfim ma bụkwara otu nkeji okwu otu nkeji okwu n'otu n'otu. Ha niile nwere echiche aka ha nke a gaghị egbudali n'emebighi echiche ha n'otu n'otu. N'ọnọdụ a, e nwere ike ịsị na mọfim na nkeji okwu yiri onwe ha.

**Nnwale onwe II**

2. Depụta myiri dị n'etiti mọfịm na nkejiokwu.

### 2.3.3 Ndịmiche n’Etiti Mọfim na Nkeji okwu

N’aka nke ọzọ, e nwakwazịrị ike ịsị na mọfim dị iche na nkeji okwu n’ihi na ọ bụghị oge niile ka nkeji okwu na-enwe echiche; ọ bụghị iwu na ọ ga-enwe echiche, ịma atụ:

(3) a. aka (otu mọfim) a/ka (nkeji okwu abụọ)
b. osisi (otu mọfim) o/si/si (nkeji okwu atọ)
ch. ekwe ntị (mọfim abụọ) e/kwe/n/tị (nkeji okwu anọ)
d. ụkọ chukwu (mọfim abụọ) ụ/kọ/chu/kwu (nkeji okwu anọ)

N’atụ ndị a, aka, osisi, ekwe, ntị, ụkọ na Chukwu bụcha mọfim n’onwe ha n’ihi na ha nwere echiche. N’aka nke ọzọ ‘a’ na ‘ka’ dị ka e si gosi na (3a) bụ nkeji okwu n’otu n’otu; ha enweghi echiche ọ bụla. Etu a ka ọ dịkwa n’ihe atụ ndị ọzọ gbasara nkeji okwu. O nweghi nkeji okwu ọ bụla nwere echiche n’atụ ndị a.
Nke ọzọ bụ na nkeji okwu na-abụkarị ụdaume, ma ọ bụ ụdaume na mgbochiume na-esote ya dị ka atụ dị na (3) si gosi. E lee anya n’etu e si kewasị nkebi okwu dị n’atụ (3), a ga-achọpụta na nkeji okwu nwere ike ịbụ ụdaume, dị ka, a, o, e, na ụ. Nkeji okwu dị n’atụ 3 malitere n’ụdaume. Ndị ọzọ bụzị mgbochiume, dị ka, *ka, si, kwe, tị, chu, kwu* na myiri ụdaume. dị ka ‘n’. N’aka nke ọzọ, ọ bụ echiche ole dị n’okwu ka e ji akọwa mọfim ya. Okwu nwere echiche abụọ ga-abụ mọfim abụọ. A chọọ igbuda ya bụ okwu, a ga-agbado ụkwụ n’echiche ole dị na ya. N’ihi nke a, a gaghị etinye anya na nkeji okwu ole mọfim nwere mgbe a na-akọwa ya.

## 2.4 Nchịkọta

Na nchikọta, mọfim bụ irighiri okwu nwere echiche nke a pụghị igbuda n’emebighi echiche ya. N’aka nke ọzọ, nkeji okwu bụ otu nkebi mkpọpụta a na-enweta site n’otu nkubiri ume oge a na-akpọpụta okwu. Mọfim na nkeji okwu yiri onwe ha n’ihi na ha abụọ nwere ike inwe echiche. Nke a na-apụta ihe oge otu mọfim nwere otu nkeji okwu. N’aka nke ọzọ, mọfim dị iche na nkeji okwu n’ihi na mọfim ga-enweriri echiche mana iwu abụghị na nkeji okwu ga-enweriri echiche.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngumi

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọ asụsụ Igbo Izugbe.* Lagos: Longman.

Fromkin V, Rodman, R na Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9th edition).* Australia: Wadsworth.

Mbah B. M, Mbah E. E. (2014). *Atụmatụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd, Enugu.

Mbah, B.M, Mbah, E., Ikeokwu, E., Nweze, I., Okeke, C., Ugwuona, C., Eze, E.A, Onu, J., Akaeze, C., Omeje, G. & Uzoigwe, B. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistic and Literary Terms*. Nsukka: University of Nigeria Press

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media

## 2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Mọfim bụ irighiri okwu nwere echiche, nke a gaghị ekerinwu n'emebighi echiche ya. Ebe nkeji okwu bụ otu nkebi mkpọpụta okwu. A na-agbado ụkwụ n'ekumume na-agụ nkeji okwu.

**Ụsa nnwale nke abụọ**

Mọfim na nkeji okwu yiri onwe ha n'ihi na oge ụfọdụ, nkeji okwu na-enwe echiche etu mọfim si enwe echiche. {ma atụ

di (otu mọfim) (otu nkeji okwu)
nwa (otu mọfim) (otu nkeji okwu)
Chi (otu mọfim) (otu nkeji okwu)
nọ (otu mọfim) (otu nkeji okwu)
bi (otu mọfim) (otu nkeji okwu)

**Ụsa nnwale nke atọ**

Mọfim dị iche na nkeji okwu n'ihi na ọ bụghị oge niile ka nkeji okwu na-enwe echiche; ọ bụghị iwu na ọ ga-enwe echiche, ịma atụ:

| | |
|---|---|
| aka (otu mọfim) | a/ka (nkeji okwu abụọ) |
| osisi (otu mọfim) | o/si/si (nkeji okwu atọ) |
| ekwe ntị (mọfim abụọ) | e/kwe/n/tị (nkeji okwu anọ) |
| ụkọ chukwu (mọfim abụọ) | ụ/kọ/chu/kwu (nkeji okwu anọ) |

# MODUL 3 ỤDỊDỊ MỌFỊM

Yunit 1 Mọfim nnọrọ onwe
Yunit 2 Mọfim Ndabe

## YUNIT 1 MỌFIM NNỌRỌ ONWE

**Ndịna**

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 1.3. 1Nkọwa mọfim nnọrọ onwe
 1.3.2 Mọfim mkpụrụ okwu
 1.3.3 Mọfim ụtọ asụsụ
1.4 Nchịkọta
1.5 Nrụtụaka/Ngumi
1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### 1.1 Mkpọlite

N'isi nke atọ, a kọwara mọfim, njirimara ya na etu o si dị iche na nkeji okwu. Na nkeji nkụzi nke a, a ga-eleba anya n'ụdịdị mọfim e nwere n'asụsụ Igbo. E nwere ihe dị iche iche a na-agbado ụkwụ ekewa mọfim. Nke kachasị pụta ihe n'ime ha bụ ọnọdụ mọfim dị ka o si metụta nkwụrụ onwe. A gbado ụkwụ na nke a, a ga-enweta ụdị mọfim abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ:

- Mọfim nnọrọ onwe na
- Mọfim ndabe

### 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, e bu n'obi na ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe mọfim nnọrọ onwe pụtara ma maa atụ ya.
- izipụta ihe a na-agbado ụkwụ achọpụta mọfim nnọrọ onwe
- depụta ma kọwaa ụdị mọfim nnọrọ onwe e nwere n'asụsụ Igbo ma nye ọmụma atụ na nke ọ bụla

## 2.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 1.3.1 Mọfim nnọrọ onwe

Mọfim nnọrọ onwe bụ mọfim ndị ahụ nwere ike ịkwụrụ onwe ha dị ka mkpụrụ okwu. Oge ụfọdụ, a na-asị na ọ bụ mọfim nwere echiche ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụ okwu. Nwankwegu (2013) kọwara na ọ bụghị mọfim nnọrọ onwe niile na-enwe echiche oge ha kwụrụ onwe ha. Ọmụma atụ, *a, ahụ, na* anaghị enwe echiche ma ha kwụrụ onwe ha. N'ihi nke a, ihe kachasị mkpa n'ịkọwa mọfim nnọrọ onwe bụ na ọ ga-akwụdoli dị ka mkpụrụ okwu, ịma atụ, *ji, ede, efere, uwe, ogiri, nọ*. Ọ bụ na mọfim nnọrọ onwe ka mọfim ndabe na-adabere ma na-agbakwụnye echiche na ya. Mọfim nnọrọ onwe na-anabata mgbakwụnye; nke a mere e ji akpọ ya mọfim mgbọrọgwụ, ịma atụ, *nọ̀, mà*

(1) a. Ọ **nọ** n'ụlọ nna ya.
b. Ọ **nọ**-*rọ* n'ụlọ nna ya afọ ise
ch. Uche **ma** ya ọfụma
d. Uche *a*-**ma**-*ghị* nke bụ nke.

N'atụ ndị a, *nọ* na *ma* bụ mọfim mgbọrọgwụ n'ihi na ha nwere ike ịkwụrụ onwe ha dị ka e si gosi na (1a) na (1ch). N'atụ 1b na 1d, mọfim ndị e degọrọ edegọ bụ mọfim ndabe. Ha dabere na mọfim mgbọrọgwụ a na-ekwu maka ya.

Ọ bụghị oge niile ka mọfim nnọrọ onwe na-enwe echiche ma ọ kwụrụ n'onwe ya. Ụfọdụ na-enwe echiche naanị mgbe ha nọ n'ahịrị okwu. N'ihi nke a, e nwere ụdị mọfim nnọrọ onwe abụọ. Ha bụ:

- ✓ Mọfim mkpụrụ okwu
- ✓ Mọfim ụtọ asụsụ

A ga-elebazi ha anya n'otu n'otu.

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Depụta ụdị mọfịm nnọrọonwe abụọ ị mara |

### 1.3.2 Mọfim mkpụrụ okwu

Mọfim mkpụrụ okwu bụ mọfim nnọrọ onwe na-enwe echiche ma ha kwụrụ onwe ha. Ha na-akwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke

gbasara ọdịdị, nkọwa ma ọ bụ akparamagwa ihe ọ bụla ha na-ekwu maka ya. Ha nwere ike ịbụ mkpọ aha, ngwaa, nkọwa aha ma ọ bụ nkwuwa, ọmụma atụ,

(2) a. oche (mkpọ aha)
b. akwa (mkpọ aha)
ch. Obi (mkpọ aha)
d. ojii (nkọwa aha)
e. ọcha (nkọwa aha)
f. ma (ngwaa)
g. nọ (ngwaa)
h. bi (ngwaa)
i. nwayọọ (nkwuwa)
j. ọsịịsọ (nkwuwa)

A na-esi n'ụfọdụ mọfim mkpụrụ okwu ewube okwu ọhụrụ.

**Nnwale onwe II**

| |
|---|
| 2. Kọwaa mọfịm mkpụrụ okwu n'uju. |

**1.3.3 Mọfim ụtọ asụsụ**

Mọfim ụtọ asụsụ, n'aka nke ọzọ, bụ mọfim nnọrọ onwe na-enwe echiche naanị oge e tinyere ya na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu. Ha anaghị enwe echiche ma ha kwụrụ onwe ha. Ihe kpatara nke a bụ na ha enweghi echiche aka ha dị ka mọfim mkpụrụ okwu. Ha na-arụ ọrụ ụtọ asụsụ na nkebi okwu ma ọ bụ ahịri okwu site n'itinyekwu echiche na mkpụrụ okwu ya na ha na-agakọ. Mọfim ndị dabara na nkọwa a bụ obere nkeji asụsụ dị iche iche dị ka nrụmaka, njikọ, nnọchi aha, isi ahịrị mmeju na nnyemaka ngwaa. Ọmụma atụ

(3) a. a, ahụ, enii (nrụmaka)
b. na, ka, ma (njikọ)
ch. unu, m, ha (nnọchi aha)
d. na, ga (nnyemaka ngwaa)
e. na, ka, ma (isi ahịrị mmeju)
f. nà, bànyéré, màkà (mbu-ụzọ)

Mọfim ndị a niile na-akwụ n'onwe ha mana echiche ha anaghị apụta ihe belụ sọọsọ ma ha anọ na nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu. Iji mee ka nkọwa a doo anya ọfụma, tụlee ahịrị okwu ndị a:

(4) a. O jụrụ ya **ma** ọ ga-ala ta a.
b. **Ma** nwoke **ma** nwaanyị ga-agba ọsọ ta a.

Na atụ (4a), *ma* na-arụ dị ka isi ahịrị mmeju. N'aka nke ọzọ, ọ na-arụ dị ka njikọ n'atụ (4b). E nwere ike ikwu echiche ya oge ọ dị n'ahịrị okwu mana ọ gaghị adị mfe ime nke a ma ọ kwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụ

okwu. N'ihi nke a, a na-asị na o nweghi echiche ọ na-ezipụta ma ọ kwụrụ onwe ya.

**Nnwale onwe III**

| |
|---|
| 3. Jiri atụ dabara adaba kọwaa mọfịm ụtọ asụsụ |

## 1.4 Nchịkọta

Na nkeji nkụzi a, a kọwara na e nwere ụdịdị mọfim abụọ: mọfim nnọrọ onwe na mọfim ndabe. A kọwara na mọfim nnọrọ onwe na-akwụrụ onwe ha dị ka mkpụrụ okwu. E kewara ya ụzọ abụọ. Ha bụ mọfim mkpụrụ okwu na mọfim ụtọ asụsụ. Mọfim mkpụrụ okwu na-akwụ onwe ma nwee echiche. N'aka nke ọzọ, mọfim ụtọ asụsụ na-arụ ọrụ ụtọ asụsụ na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu. N'ihi ya, ọ naghị enwe echiche ma ọ kwụrụ onwe ha. E nyere atụ dị iche iche iji kọwaa ha ọfụma.

## 1.5 Nrụtụaka/Ngumi

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọ asụsụ Igbo Izugbe.* Lagos: Longman.

Fromkin V, Rodman, R na Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9th edition).* Australia: Wadsworth.

Mbah B. M, Mbah E. E. (2014). *Atụmatụ Amụmamụ Asụsụ.* Nsukka: University of Nigeria Press Ltd, Enugu.

Mbah, B.M, Mbah, E., Ikeokwu, E., Nweze, I., Okeke, C., Ugwuona, C., Eze, E.A, Onu, J., Akaeze, C., Omeje, G. & Uzoigwe, B. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistic and Literary Terms*. Nsukka: University of Nigeria Press

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media

## 1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### Ụsa nnwale nke mbụ

Mọfim nnọrọ onwe bụ mọfim ndị ahụ nwere ike ịkwụrụ onwe ha dị ka mkpụrụ okwu. Oge ụfọdụ, a na-asị na ọ bụ mọfim nwere echiche ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya dị ka mkpụrụ okwu. Ọmụma atụ:

- Ọ **nọ** n'ụlọ nna ya.
- Ọ **nọ**-*rọ* n'ụlọ nna ya afọ ise
- Uche **ma** ya ọfụma
- Uche *a*-**ma**-*ghị* nke bụ nke.

### Ụsa nnwale nke abụọ

Mọfim mkpụrụ okwu bụ mọfim nnọrọ onwe na-enwe echiche ma ha kwụrụ onwe ha. Ha na-akwụrụ onwe ha ma nwee echiche zuru oke gbasara ọdịdị, nkọwa ma ọ bụ akparamagwa ihe ọ bụla ha na-ekwu maka ya. Ọmụma atụ:

- oche (mkpọ aha)
- akwa (mkpọ aha)
- Obi (mkpọ aha)
- ojii (nkọwa aha)
- ọcha (nkọwa aha)
- ma (ngwaa)
- nọ (ngwaa)
- bi (ngwaa)
- nwayọọ (nkwuwa)

### Ụsa nnwale nke atọ

Mọfim ụtọ asụsụ bụ mọfim nnọrọ onwe na-enwe echiche naanị oge e tinyere ya na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu. Ha anaghị enwe echiche ma ha kwụrụ onwe ha. Ọmụma atụ

- a, ahụ, enii (nrụmaka)
- na, ka, ma (njikọ)
- unu, m, ha (nnọchi aha)
- na, ga (nnyemaka ngwaa)
- na, ka, ma (isi ahịrị mmeju)
- nà, bànyéré, màkà (mbu-ụzọ)

# YUNIT 2 MỌFỊM NDABE

## Ndịna


1.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 2.3.1 Nkọwa mọfim ndabe
 2.3.2 Mgbakwụnye na ụdịdị mgbakwụnye
 2.3.3 Ụdịdị mgbakwụnye site n’ọnọdụ
 **2**.3.4 Ụdịdị mgbakwụnye site n’ọrụ
 2.3.5 Nsokwụnye dị ka mọfim ndabe
 2.3.6 Nsọkwụnye
2.4 Nchịkọta
1.5 Nrụtụaka/Ngumi
1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere


## 2.1 Mkpọlite

N’isi nke atọ, a kọwara mọfim, njirimara ya na etu o si dị iche na nkeji okwu. Na unit nke mbụ na modul a, e lebara anya na mọfim nnọrọ onwe na ụdịdị ya. Etu a ka a ga-esi lebakwa anya na mọfim ndabe. N’ebe a, a ga-akọwa mọfim ndabe na ụdịdị ya e nwere n’Igbo. Oge ọ bụla a na-atụle mọfim n’otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ, a na-eleba anya n’etu mọfim ndabe si akpa agwa. N’asụsụ Igbo, nke a dị nnukwu mkpa n’ihi na mọfim ndabe na-arụ ọtụtụ ọrụ n’ụtọ asụsụ nakwa na mmebe okwu. N’ihi nke a, a ga-agbalị ileba anya n’ụdịdị ya na ọrụ ha na-arụ

## 2.2 Na ngwụcha nkụzi a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ma nye atụ mọfim ndabe
- zipụta ihe ndị a na-agbado ụkwụ ekewa mọfim ndabe
- depụta ma kọwaa ụdị mọfim ndabe e nwere n’asụsụ Igbo ma maa atụ nke ọ bụla
- zipụta ndịmiche n’etiti mgbọrọgwụ nnọrọ onwe na mgbọrọgwụ ndabe
- kọwaa mgbọrọgwụ ndabe ma nye ọmụma atụ ya n’asụsụ Igbo.
- kọwaa nsọkwụnye dị ka mọfim ndabe ma nye ọmụma atụ ya n’asụsụ Igbo.
- kọwaa ihe dị iche n’etiti mgbọrọgwụ nnọrọ onwe na mgbọrọgwụ ndabe.

## 2.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 2.3.1 Mọfim ndabe

Mọfim ndabe bụ mọfim ahụ na-anaghị akwụrụ onwe ya n'adabeghi na mọfim ọzọ iji nwee echiche. Mbah na Mbah (2014) kọwara na ọ bụ ụdị mọfim, nke nwere echiche mana o nweghi ike ịkwụrụ onwe ya. Ọ ga-adabedoriri na mọfim nnọrọ onwe iji kwụdo. N'asụsụ Igbo, okwu na-anabatakarị mọfim ndabe bụ mgbọrọgwụ ngwaa na ogwe ngwaa. Mgbọrọgwụ ngwaa bụ isi ngwaa na-enweghi mgbakwụnye ọ bụla mana ọ ga-anabatali mọfim ndabe dị iche iche. N'aka nke ọzọ ogwe ngwaa bụ mgbọrọgwụ ngwaa nwere mgbakwụnye mana ọ ga-ebudoli mgbakwụnye ọzọ tinyere nke dịbu adị, ọmụma atụ:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| (1) | a. | za | (2) | a. | re |
| | b. | ị-za | | b. | i-re |
| | c. | a-za | | c. | e-re |
| | d. | za-a | | d. | re-e |
| | e. | a-za-la | | e. | e-re-la |
| | f. | za-ra | | f. | re-re |
| | g. | za-ghị | | g. | re-ghị |
| | h. | za-a-la | | h. | re-e-la |
| | i. | za-a-la-rị | | i. | re-e-la-ri |
| | j. | za-be-ghị | | j. | re-be-ghị |
| | k. | za-cha-a-la | | k. | re-cha-a-la |

N'atụ (1), *za* na *re* bụgbado mgbọrọgwụ ngwaa ma ọ bụ isi ngwaa maka na o nweghi mgbakwụnye ọ bụla dabere na ha. N'aka nke ọzọ, za*a*, za*be*, za*cha* (1i-k), re*e*, re*be*, re*cha* (i-k) bụcha ogwe ngwaa n'ihi na ha nwere mgbakwụnye, ndị a e dọgọrọ edegọ, mana ha nabatara mgbakwụnye ọzọ tinyere nke dịbu na ha dị ka e si gosi na (1i-k). A gbado ụkwụ na nke a, e nwere ike ịsị na mgbọrọgwụ nwere ike ịbụ ogwe okwu mana ogwe okwu niile abụghị mgbọrọgwụ.
E wezuga nke a, a ga-ahụkwazị na mgbakwụnye nọ n'ọnọdụ dị iche iche n'okwu ndị a. Ụfọdụ bu isi ngwaa ụzọ ebe ụfọdụ na-eso ya. Ha na-arụkwa ọrụ dị iche iche n'okwu ndị a. N'ihi nke a, e nwere ụdị mọfim ndabe dị iche. Ha bụ:

(i) Mgbakwụnye
(ii) Mgbọrọgwụ ndabe
(iii) Nsọkwụnye

N'ebe a, a ga-akọwazị ha n'otu n'otu

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Gịnị bụ mọfịm ndabe? Depụta ụdị ya ị mara. |

### 2.3.2 Mgbakwụnye na ụdịdị ya

Mgbakwụnye bụ mọfim ndabe a na-agbakwụnye na mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu iji gbanwee ma ọ bụ gbatịa echiche ya ma ọ bụkwanụ nweta okwu ọhụrụ. O nwere ike ịdabe n'akụkụ dị iche iche n'okwu ọ dị na ya. E nwere ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ e nwere ike ịgbaso kewaa mgbakwụnye e nwere n'asụsụ Igbo. Ha bụ:
(a) ọnọdụ mgbakwụnye nyere mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu na
(b) ọrụ ha na-arụ

### 2.3.3 Ụdịdị Mgbakwụnye Site n'Ọnọdụ

A gbado ụkwụ n'ebe mgbakwụnye tadoro, a ga-enweta ụdị mgbakwụnye ndị a:

i. Nganihu
ii. Nganazụ
iii. Nganetiti
iv. Ngarube
v. Nganime

**Nganihu**
Nganihu bụ mọfim ndabe nke na-ebu mgbọrọgwụ okwu ụzọ na mkpụrụ okwu. A na-agbakwụnye ya tupu mgbọrọgwụ okwu ọ dabere na ya, ịma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| (3) | **n**-jụ | **i**-je |
| | **n**-gwu, | **ị**-da |
| | **n**-ri | **o**-je (ozi) |
| | **m**-bu | **ọ**-gba (ọsọ) |
| | **m**-yọ | **u**-do (peace) |

N'okwu ndị a, *n-, m-, i-, ị-, o-, ọ-* na *u-* bụ nganihu. Ha bu mgbọrọgwụ okwu ụzọ n'okwu ha dị na ya.

**Nganazụ**
Nganazụ bụ ụdị mgbakwụnye na-esote mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu ọ dị na ya. Mgbakwụnye na-ezipụta ọdịdị, ngosi oge (tẹnsị) na ngawanye (aspẹkt) dabara n'ebe a. Lezie anya n'atụ ndị a:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| (3) | nwe-**re** | (4) | ja-**ra** | (5) | ja-**ghị** |
| | to-**ro** | | zụ-**rụ** | | |
| | ma-**ra** | | kwu-**ru** | | |
| | bu-**ru** | | si-**ri** | | |

Mgbakwụnye niile e dejiri edeji bụ nganazụ n'ihi na ha na-eso mgbọrọwu okwu. (3) na-ezipụta ọdịdị, (4) na-ezipụta tẹnsị ndịnazụ ebe (5) na-ezipụta njụ

**Nganetiti**

Nke a bụ mọfịm ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye na-anọ n'etiti ogwe okwu abụọ. Ọ na-ekewa mkpụrụ okwu ọ nọ na ya ụzọ abụọ. N'Igbo, ụdị mgbakwụnye a pụtara ihe n'ọmụma atụ ndị a:

(6) egwu-**r**-egwu → egwuregwu
ata-**m**-ata → atamata
ngọ-**rị**-ngọ → ngọrịngọ
ede-**m**-ede → edemede
akọ-**m**-ọnụ → akọmọnụ
ibe-**r**-ibe → iberibe
ekwe-**m**-ekwe → ekwemekwe

N'atụ ndị a, mọfim ndị e dejiri edeji bụ nganetiti. Ha bụ *-r-, -ri-* na *-m-*. Ha nọ n'etiti ogwe okwu abụọ ma kewaa ha nhatanha. Cheta na ihe e ji sị na ọ bụ n'etiti ogwe okwu bụ na okwu ndị a abụghịzị mgbọrọgwụ okwu maka na ha niile nwere mgbakwụnye tupu e tinye nganetiti. Iji maa atụ, *e+gwu → egwu*. N'ebe a, *gwu* bụ mgbọrọgwụ okwu ebe *egwu* bụ ogwe okwu. Ọ bụ etu a ka ọ dị n'atụ ndị ọzọ niile e nyere gbasara nganetiti.

**Nganime**

Nganime bụ mọfim ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye a na-etinye n'agbata otu mgbọrọgwụ okwu. Ọ dị iche na nganetiti n'ihi na a na-etinye nganetiti n'agbata mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu abụọ. N'amụmamụ mmebe okwu Igbo, ndị ọka asụsụ enweghi nkwekọrịta gbasara nganime. Ụfọdụ kwetara na e nwere nganime mana ụfọdụ ekwetaghị. Etu o sila dị, nkọwa e nyerela na-egosi na e nweghi nganime n'Igbo. Nke a bụ n'ihi na o siri ike ịhụ ebe e tinyere mgbakwụnye n'etiti otu mgbọrọgwụ okwu Igbo. N'agbanyeghi nke a, e nwere nganime n'asụsụ ndị ọzọ dị ka Ulwa (hụ Nwankwegu, 2013)

**Ulwa**

(8) a. su:lu 'nkịta'
b. su:**ki**-lu 'nkịta m'
ch. su:**ma**-lu 'nkịta gị'
d. su:**ka**-lu 'nkịta ya

N'atụ ndị a, mọfim ndị e dejiri edeji bụ nganime. Ha dị n'agbata otu mgbọrụgwụ okwu. N'asụsụ Igbo, ụfọdụ ndị ọka asụsụ ekwuola na a bịa n'okwu dị ka *ga**fe**re, chọ**pụ**ta, kwa**gh**epu,* na *fe, pụ* na *ghe* bụcha nganime. Nke adabaghị ma ncha n'ihi na mọfim ndị a bụcha mgbọrọgwụ okwu nwere ike ịnọ dị ka isi ngwaa. Nke ọzọ bụ na ha adịghị n'agbata otu mgbọrọgwụ okwu dị ka e si gosi n'atụ ndị e nyerela.

**Ngarube**

Ngarube bụ mọfim ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye na-agarube mgbọrọgwụ okwu ọ dabere na ya okirikiri. Ọ na-adịka nganihu na nganazụ na-agakọ ọnụ mgbe ọ bụla e tinyere ha n'okwu. Mbah na Mbah (2014) na-akọwa na otu akụkụ ya bụ mgbakwụnye na-adị na mbido ebe akụkụ ya nke ọzọ na-adị na ngwụcha okwu. Atụ nke a adịghị ọtụtụ n'Igbo dị ka e si gosi ebe a:

(9) a. je **n**-je-**m**
b. be **m**-be-**m**

N'atụ dị n'elu, 'n…m' na 'm…m' bụcha ngarube. Ha garubere *je* na *be* n'otu n'otu.

**Nnwale onwe II**

2. Depụta ma kọwaa ụdịdị mgbakwunye e nwere n'Igbo gbado ụkwụ

**2.3.4 Ụdịdị mgbakwụnye site n'ọrụ**

A gbado ụkwụ n'ọrụ mgbakwụnye na-arụ, a ga-enweta ụdị mgbakwụnye abụọ, ha bụ:

(i) Mgbakwụnye ụtọ asụsụ
(ii) Mgbakwụnye mmebe okwu

**Mgbakwụnnye ụtọ asụsụ**

Mgbakwụnye ụtọ asụsụ bụ mgbakwụnye ndị ahụ na-arụ ọrụ ụtọ asụsụ dị iche iche dị ka tẹnsị, aspẹkt na njụ. Ha na-agbanwe ọrụ na echiche mgbọrọgwụ okwu ma ọ bụ ogwe okwu ha dabere na ya mana ha anaghị agbanwe nkeji asụsụ ya. Ọmụma atụ n'asụsụ Igbo gụnyere -rỤ$_1$ 'r-' na ụdaume. na-eso ya (ngosi tẹnsị ndịnazụ); -rỤ$_2$ (ngosi ọdịdị/tẹnsị ndịnugbua); -rỤ$_3$ (ngosi ntimiwu); -rỤ$_4$ (ngosi nrite), -la/-go (ngosi aspẹkt mmecha); -ghị (ngosi njụ); be (ngosi tẹnsị na aspẹkt njụ); i-/ị- (ngosi mfinitivu); a-/e- (ngosi mme-ka-ngwaa) dg. Mgbakwụnye ndị a niile bụ mgbakwụnye ngwaa ma ha anaghị agbanwe nkeji asụsụ ngwaa ha dabere na ya dị ka n'atụ ndị a:

(11) a. Uche je-**re** ahịa
b. Uche nwe-**re** ego
c. Je**e** ozi a kịta a
ch Uche je-e-**re** nwa nne ya ozi
d. Uche e-je-e-**la** ahịa
e. Uche e-je-**be-ghi**

E lee anya n'atụ ndị a, a ga-achọpụta na okwu ndị a bụ ngwaa tupu e tinyere ha mgbakwụnye; kae tinyesiri ha mgbakwụnye, ha ka abụkwa ngwaa. Mgbakwụnye e tinyere ha agbanweghi nkeji asụsụ ha.

**Mgbakwụnye mwube okwu**

Nke a bụ mgbakwụnye ndị ahụ a na-eji emebete okwu ọhụrụ n'asụsụ dị iche iche. Nke a dị iche na mgbakwụnye ụtọ asụsụ n'ihi na o nwere ike ịgbanwe nkeji asụsụ okwu ọ dabere na ya. Ọ dị ụzọ abụọ:

(i) Mgbakwụnye mgbatị
(ii) Mgbakwụnye mgbanwe

Nke a bụ ụdị mgbakwụnye mwube okwu na-agbanwe echiche okwu ọ dabere na ya mana ọ naghị agbanwe nkeji asụsụ ya bụ okwu. Emenanjọ (2015) kwuru na njirimara ha gụnyere ndị a:

(i.) A na-agbakwụnye ha n'isi ngwaa
(ii) Ha anaghị arụ ọrụ ụtọ asụsụ
(iii) Ha anaghị agbanwe nkeji asụsụ okwu ha dabere na ya
(iv) Ha na-anọdebe isi ngwaa nso karịa nganazụ ndị ọzọ a gbakwụnyere n'isi ngwaa
(v) Iwepụ ha n'okwu anaghị emebi echiche okwu ahụ; ọ bụghị iwu na a ga-etinye ya.

E nwere mgbagha n'etiti ndị ọkaasụsụ gbasara mgbakwụnye dabara na nkọwa a nakwa n'usoro nkewa ha. N'agbanyeghi nke a, mgbakwụnye mgbatị dị ọtụtụ n'asụsụ Igbo. Ha na-ezipụta echiche dị iche iche nke ha na-etinye na ngwaa ha gbakwụnyere. Echiche ha na-enwekarị gụnyere echiche mbu-ụzọ, nkwuwa, akshọnsat[1] na nnyemaka ngwaa. Echiche nkwuwa kachasị na ha niile (hụ Emenanjọ, 2015).

| | | | |
|---|---|---|---|
| Echiche nkwuwa: | -wa | ri-**wa** | (O ri-**wa**-go ọnụ) |
| | -debe | kpụ-**debe** | (kpụ-**debe** m nso) |
| | -chu | nwụ-**chu** | (Ọnwu-**chu**-ru anwụchu) |
| | -gharị | kwụ-**gharị** | (Ọna-akwụ-**gharị** n'ụzọ) |
| Echiche mbu-ụzọ | -go | bu-**go** | (Ọ na-ebu-go mmiri (elu)) |
| | -kụ | ta-**do** | (Ọ na-ata-do n'ahụ mmadụ) |
| | -te | bu-**te** | (Bu-te ya ebe a) |
| | -tu | bu-**tu** | (Ọ ga-ebu-tu ya n'ahịa) |
| Echiche akshọnsat | -ba | tụ-**ba** | (Ọ ga-atụ-**ba** ya ime ejma) |
| | -gide | me-**gide** | (Ị ga-eme-**gide** ya etu a, ọ gwụ) |
| | -ga | si-**ga** | (O si-**ga** nri ahụ ugbu a) |
| | -cha | do-**cha** | (Ọ ga-edo-**cha** blọọk ahụ echi) |

[1] Nke a bụ mgbakwụnye mgbatị na-enwe echiche nke ọ na-etinyeso na ngwaa. Ọ dị iche n'aspẹkt n'ihi na ọ naghị eziputa mmecha ma ọ bụ ngawanye.

| | | | |
|---|---|---|---|
| Nnyemaka ngwaa | -riri | je-**riri** | (Ị ga-eje-riri ụka ta a) |
| | -nwu | me-**nwu** | (Ị ga-eme-nwu ihe a) |

N'atụ ndị a, mọfim niile a dejiri edeji bụcha mgbakwụnye mgbatị. Ha na-egosi na nkeji asụsụ okwu ha dabere na ya agbanweghi ka e tinyechara mgbakwụnye.

**Mgbakwụnye mgbanwe**

Nke a bụ mgbakwụnye e ji ewube ma ọ bụ emebe okwu ọhụrụ, nke na-agbanwe echiche na nkeji asụsụ okwu ọ dabere na ya. Mgbọrọgwụ okwu, nke a na-agbadokarị ụkwụ eme nke a bụ isi ngwaa. N'agbanyeghi nke a, e nwekwara ike isi na nkeji asụsụ ndị ọzọ mebete okwu ọhụrụ mana okwu e nwere ike isi na ya mee nke a pere mpe. Mgbakwụnye mgbanwe gụnyere nsina ngwaa ụfọdụ dị ka omee, ngwa na jerọnd:
Ọmụma atụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (12) | **Mgbakwụnye** ⟶ | **Ngwaa** | **mkpọ aha** |
| | m- | vọ/yọ | **m**vọ, myọ (ngwa) |
| | ọ- | nwụ/sọ | **o**nwụ, asọ |
| | n- | ri/gwu | **n**ri, **n**gwu (ngwa) |
| | o- | kwu | **o**kwu |
| | ọ-,-ụ | gụ | **ọ**gụ**ụ** (omee) |
| | ọ- | gụ | **ọ**gụ (akwụkwọ) |
| (13) | **Mgbakwụnye** ⟶ | **Ngwaa** | **Nkọwa aha** |
| | ọ- | cha | ọ́chá |
| | o- | ji | oji |

**Mgbọrọgwụ ndabe**

Mgbọrọgwụ ndabe bụ mọfim ndị ahụ na-eziputa echiche zuru oke mana ha enweghi ike ikwu n'onwe ha. Ha na-enwe mgbakwụnye ebe ọ bụla e webatara ha n'ahịrị okwu. Ha yiri mọfim mkpụrụ okwu n'ebe niile belu sọ na ha anaghị akwụrụ onwe ha n'enweghi mgbakwụnye dabere na ha. Ọtụtụ n'isi ngwaa e nwere n'asụsụ Igbo bụ mgbọrọgwụ ndabe n'ihi na ha ga-enweriri opeka mpe otu mgbakwụnye ebe ọ bụla e webatara ha n'okwu. Isi ngwaa dị ka *nọ, bi, bụ* na *si* nwere ike ịkwụrụ onwe ha n'enweghi mgbakwụnye (hụ Nweya, 2018). N'aka nke ọzọ, isi ngwaa dị ka **ri**- *ri-e, **ri**-we, **ri**-ri, **ri**-e-la,* **kwu**- ***kwu**-o, **kwu**-we, **kwu**-ru, **kwu**-o-la, **kwu**-ghi, **kwu**-beghi* dg na-enwe mgbakwụnye ebe ọ bụla e wabatara ha n'ahịrị okwu. Tụlekọrịta atụ ndị a:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| (1) | a. | nọ ⟶ | Ha **nọ** n'ụlọ. | | | |
| | b. | bi ⟶ | Ha **bi** Ọnịcha. | | | |
| | ch. | bụ ⟶ | Ị **bụ** odogwu. | | | |
| | d. | si ⟶ | M **si** Aba ugbu a. | | | |
| (2) | a. | ri ⟶ | Ha | na- | e-**ri** | nri |
| | b. | | *Ha | na- | **ri** | **nri** |
| | ch. | Kwu ⟶ | O | **kwu**-ru | | okwu |
| | d. | | *O | kwu | okwu | |

N'atụ ndị a, a ga-achọpụta na ụfọdụ isi ngwaa e nwere n'asụsụ Igbo bụ mọfim nnọrọ onwe dị ka e si gosi na (1). Ndị a nwere ike ịnọ naanị ha dị ka isi ngwaa n'enweghi mgbakwụnye dabere na ha. N'aka nke ọzọ, ụfọdụ isi ngwaa bụ mgbọrọgwụ ndabe maka na ha anaghị akwụrụ onwe ha n'enweghi mgbakwụnye dabere na ha dị ka e si gosi n'atụ (2). Imirikiti isi ngwaa e nwere n'Igbo na-akpa agwa etu a.

**Nnwale Onwe III**

| |
|---|
| 3. Depụta ma kọwaa ụdịdị mgbakwunye e nwere n'Igbo gbado ụkwụ n'ọrụ ha n'ahịrị okwu. |

Nsokwụnye bụ mperimpe okwu ma ọ bụ mkpụrụ okwu na-etinyeso echiche n'ahịrị okwu. Ha nwere ike iso okwu niile ma e wepu mbu-ụzọ. N'ihi nke a, o nwere ike ịnọ ebe ọ bụla n'ahịrị okwu. Ọtụtụ oge, ọ na-anọdewe ngwaa, mkpọ aha na nkọwaaha. Ọ bụrụ na o sote ngwaa, e dekọta ha abụọ ọnụ, mana o sote nkeji asụsụ ọzọ, e desaa ha edesa. O kwesiri ka a ghọta na nsokwụnye abụghị ngwaa ma ọ bụ nsonazụ n'ihi na ha nwere ike iso okwu ndị ọzọ tinyere ngwaa; mana nsonazụ na-eso naanị ngwaa n'ahịrị okwu. Nsokwụnye e nwere n'asụsụ Igbo gụnyere *cha, kwa, kwanụ.* Ọmụma atụ:

a. Ihe ndị a bụ**cha** ihe oriri.
b. Ihe ndị a **cha** bụ ihe oriri.
ch. Ihe ndị a bụ ihe oriri **cha.**
d. Onye **kwa** bụ onye ahụ?
e. Onye bụ**kwa** onye ahụ?
f. Onye bụ onye ahụ **kwa**?

E lee anya n'atụ ndị a, a ga-achọpụta na echiche ọ na-etinye n'ahịrị okwu bụ nke nrụdo (aka). Ọmụma atụ ndị ọzọ gụnyere:

a. Gịnị **kwanụ** bụ ihe ahụ?
b. Gịnị bụ**kwanụ** ihe ahụ?
ch. Gịnị bụ ihe ahụ **kwanụ**?

Ọ bụ naanị mgbe ọ na-eso ngwaa ka a na-edekọ ya na okwu ọ na-eso ọnụ.

**Nnwale Onwe IV**

| |
|---|
| 4. kọwaa nsokwunye dị ka mọfịm ndabe. |

## 2.4 Nchịkọta

Na nchịkọta, a kọwara na mọfim ndabe bụ mọfim ndị na-anaghị akwụdoli n'onwe ya. Ha na-adabe na mọfim nnọrọ onwe iji nwee echiche. E nwere mọfim ndabe atọ n'Igbo. Ha bụ mgbakwụnye, mgbọrọgwụ ndabe na nsọkwụnye. A na-agbado ụkwụ n'ọnọdụ na ọrụ ekewa mgbakwụnye e nwere n'Igbo. A gbado ụkwụ n'ọnọdụ mgbakwụnye nwere isi ngwaa, a ga-enweta ụdị mgbakwụnye ise n'Igbo. Ha bụ nganihu, nganazụ, nganetiti na ngarube. A gbado ụkwụ n'ọrụ, a ga-enweta ụdị mgbakụnye abụọ. Ha bụ mgbakwụnye mgbanwe na mgbakwụnye mgbatị. A kọwara ụdị mgbakwụnye a niile na yunit a. E labakwara anya na mgbọrọgwụ ndabe na nsọkwụnye. Mgbọrọgwụ ndabe bụ isi ngwaa ndị ahụ na-anaghị akwụdoli n'enweghi mgbakwụnye ọ bụla. N'aka nke ọzọ, nsokwụnye na-etinyeso nghọta n'ahịrị okwu.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngumi

Emenanjo, E. N. (2015). *Contemporary Igbo Grammar: Constituents, Features and Processes.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit and Linguistics Association of Nigeria.

Fromkin V, Rodman, R na Hyams, N (2011). *An Introduction to Language (9th edition).* Australia: Wadsworth.

Haspelmath, M. na Andrea D. S. (2010). *Understanding Morphology (2nd edition).*

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media

## 2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Mọfim ndabe bụ mọfim ahụ na-anaghị akwụrụ onwe ya n'adabeghi na mọfim ọzọ iji nwee echiche. Ọmụma atụ:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| (1) | a. | za | (2) | a. | re |
| | b. | ị-za | | b. | i-re |
| | c. | a-za | | c. | e-re |

**Ụsa nnwale nke abụọ**

2. Nganihu bụ mọfim ndabe nke na-ebu mgbọrọgwụ okwu ụzọ na mkpụrụ okwu. A na-agbakwụnye ya tupu mgbọrọgwụ okwu ọ dabere na ya, ịma atụ:

- **n**-jụ **i**-je
- **n**-gwu, **ị**-da

Nganazụ bụ ụdị mgbakwụnye na-esote mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu ọ dị na ya. Mgbakwụnye na-ezipụta ọdịdị, ngosi oge (tẹnsị) na ngawanye (aspẹkt) dabara n'ebe a. Lezie anya n'atụ ndị a:

- nwe-**re**
- ja-**ra**

**Nganetiti:** Nke a bụ mọfịm ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye na-anọ n'etiti ogwe okwu abụọ. Ọ na-ekewa mkpụrụ okwu ọ nọ na ya ụzọ abụọ. N'Igbo, ụdị mgbakwụnye a pụtara ihe n'ọmụma atụ ndị a:

- egwu-**r**-egwu → egwuregwu
- ata-**m**-ata → atamata

**Nganime:** Nganime bụ mọfim ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye a na-etinye n'agbata otu mgbọrọgwụ okwu.

- su:lu 'nkịta'
- su:**ki**-lu 'nkịta m'

**Ngarube:** Ngarube bụ mọfim ndabe ma ọ bụ mgbakwụnye na-agarube mgbọrọgwụ okwu ọ dabere na ya okirikiri. Ọ na-adịka nganihu na nganazụ na-agakọ ọnụ mgbe ọ bụla e tinyere ha n'okwu.
Atụ nke a adịghị ọtụtụ n'Igbo dị ka e si gosi ebe a:

- je **n**-je-**m**
- be **m**-be-**m**

**Ụsa nnwale nke atọ**

**2. Mgbakwụnnye ụtọ asụsụ:** Mgbakwụnye ụtọ asụsụ bụ mgbakwụnye ndị ahụ na-arụ ọrụ ụtọ asụsụ dị iche iche dị ka tẹnsị, aspẹkt na njụ. Ha

na-agbanwe ọrụ na echiche mgbọrọgwụ okwu ma ọ bụ ogwe okwu ha dabere na ya mana ha anaghị agbanwe nkeji asụsụ ya. Ọmụma atụ n'asụsụ Igbo gụnyere -rỤ$_1$ 'r-' na ụdaume. na-eso ya (ngosi tẹnsị ndịnazụ); -rỤ$_2$ (ngosi ọdịdị/tẹnsị ndịnugbua); -rỤ$_3$ (ngosi ntimiwu); -rỤ$_4$ (ngosi nrite), -la/-go (ngosi aspẹkt mmecha); -ghị (ngosi njụ); be (ngosi tẹnsị na aspẹkt njụ); i-/ị- (ngosi mfinitivu); a-/e- (ngosi mme-ka-ngwaa) dg.

**Mgbakwụnye mwube okwu:** Nke a bụ mgbakwụnye ndị ahụ a na-eji emebete okwu ọhụrụ n'asụsụ dị iche iche. Nke a dị iche na mgbakwụnye ụtọ asụsụ n'ihi na o nwere ike ịgbanwe nkeji asụsụ okwu ọ dabere na ya.

**Mgbakwụnye mgbanwe:** Nke a bụ mgbakwụnye e ji ewube ma ọ bụ emebe okwu ọhụrụ, nke na-agbanwe echiche na nkeji asụsụ okwu ọ dabere na ya. Mgbọrọgwụ okwu, nke a na-agbadokarị ụkwụ eme nke a bụ isi ngwaa. Ọmụma atụ:

| **Mgbakwụnye** → | **Ngwaa** | **mkpọ aha** |
|---|---|---|
| m- | vọ/yọ | **m**vọ, myọ (ngwa) |
| ọ- | nwụ/sọ | **o**nwụ, asọ |
| n- | ri/gwu | **n**ri, **n**gwu (ngwa) |
| o- | kwu | **o**kwu |

**Mgbọrọgwụ ndabe:** Mgbọrọgwụ ndabe bụ mọfim ndị ahụ na-eziputa echiche zuru oke mana ha enweghi ike ikwu n'onwe ha. Ha na-enwe mgbakwụnye ebe ọ bụla e webatara ha n'ahịrị okwu.

## MODUL 4 USORO MMEBE OKWU

Yunit 1 Usoro mgbakwụnye nsina ngwaa
Yunit 2 Mbite
Yunit 3 Okwu ọhụrụ na ngwạkọ
Yunit 4 Ejima okwu
Yunit 5 Nkwụkọ
Yunit 6 Nsina okwu njakịrị na okwu ọkpụ
Yunit 7 Nsina usoro okwu na mgbatị echiche
Yunit 8 Nchabi na ndebiri

## YUNIT 1 USORO MMEBE OKWU

### Ndịna

1.1 Mkpọlite
1.2 Mbunuche
1.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 1.3.1 Nkọwa usoro mmebe okwu
 1.3.2 Nkọwa mgbakwụnye dị ka usoro mmebe okwu
 1.3.3 Iwu na-achịkwa mgbakwụnye n'Igbo
1.4 Nchịkọta
1.5 Nrụtụaka/Ngumi
1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere



### 1.1 Mkpọlite

Isi okwu ọzọ gbara ọkpụrụkpụ a ga-eleba anya n'ihe ọmụmụ a bụ usoro mmebe okwu. Cheta na e kwuru, na mmalite ihe ọmụmụ a, na mọfọlọji bụ amụmamụ na-eleba anya n'etu e si eji mọfim emebe mkpụrụ okwu. Na nkeji nkụzi ndị e lebarala anya, e gosiri ụdị mọfim dị iche iche na etu e si kewasịa ha. N'ebe a, a ga-ahụzị usoro mmebe okwu dị iche iche ebe e ji mọfim ndị a wube okwu nakwa iwu na-achị usoro a. Na nkeji nkụzi a kpọm kwẹm, a ga-ekwu maka mgbakwụnye mana a gaghị akọwazị ya n'uju n'ihi na e meela nke a na modul 3 ka a ghara ikwugharị ihe e kwubugoro.

## 1.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe usoro mmebe okwu pụtara n'uju.
- kọwaa mgbakwụnye dị ka otu n'usoro mmebe okwu pụtara ihe n'Igbo.
- depụta ma kọwaa ụdị mgbakwụnye e nwere n'Igbo na etu ha si dị iche n'ibe ha.
- depụta ụdị okwu iche iche a na-enweta site n'itinye mgbakwụnye.

## 1.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 1.3.1 Usoro mmebe okwu igbo

Mmụba okwu bụ mpaghara amụmamụ asụsụ, nke na-amụ ụzọ e si emebe okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. N'asụsụ dị iche iche, a na-enwe ụzọ pụtara ìhè e si enweta okwu ọhụrụ. Ụzọ ndị a dị iche iche si n'otu asụsụ ga n'asụsụ ọzọ. Mmụba okwu na-eme ka asụsụ na-eto ma na-agbanwe n'ụzọ dị mma. Etu mmadụ si achọ ihe ọhụrụ, etu ahụ ka asụsụ si achọ ma na-anabata okwu ọhụrụ. Ọ bụ ihe ndị nwe asụsụ kwekọrịtara na ha ga na-akpọ ihe ụfọdụ ka ha ga na-akpọ ha. Ha kpebie ihe dị etu a, ha na-akpọ ya ihe ndị ahụ ha kwekọrịtara na ha. Ọfọmata (2002) kwuru na asụsụ bụ chi na-efo, ọ na-atụ ime na-amụta nwa. Iji maa atụ, ọ bụghị etu asụsụ Igbo dị n'afọ iri atọ gara aga ka a na-atụ anya na ọ ga-adịkwa n'oge ugbu a. Ọtụtụ ihe mgbanwe adịla na ya. Ọ mụbaala n'ụzọ dị iche iche site n'imepụta nakwa iwebata okwu ọhụrụ. A hazịkwara nke ọma, okwu ochie ụfọdụ na-adabazịghị n'usoro e si chọọ. Asụsụ na-agba mbibi site n'ibe ya. O nweghi asụsụ e nwere n'ụwa na-anọ naanị ya ma ọ bụ kwụgide otu ebe. O nweghịkwa asụsụ na-enweghi okwu ọhụrụ na okwu asụsụ ọzọ n'ime ya. N'ezie, mgbe ndị mmadụ bikọtara ọnụ na-emekọrịta, a na-emebeta ọtụtụ okwu ọhụrụ iji mee ka mmekọrịta ha na-aga were were. Ha na-ebitekọrịta okwu iji mejupụta asụsụ ha.

Site na nkeji nkụzi e lebarala anya, a ga-achọpụta na ụzọ kacha pụta ìhè e si enweta okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo bụ imebe okwu site na ngwaa maka na ọ bụ ngwaa na-anabatakarị mgbakwụnye dị iche iche karịa nkeji okwu ndị ọzọ. N'ebe a, a ga-eleba anya n'usoro mmebe okwu niile pụtara ihe n'asụsụ Igbo.

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ usoro mmebe okwu?

2. Depụta uru amụmamụ mmebe okwu bara n'amụmamụ Igbo.

### 1.3.2 Usoro mgbakwụnye

Usoro mgbakwụnye bụ usoro mmebe okwu, nke a na-etinye ụdị mgbakwụnye dị iche na mgbọrọgwụ okwu iji mebeta okwu ọhụrụ site n'ịgbanwe ma ọ bụ ịgbatị echiche ma ọ bụ ọrụ, nke okwu na-arụ na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu. Ọ dị mkpa ka e kwunwuo ya na ọ bụ site na ngwaa ka e si emebeta okwu ọhụrụ site n'itinye mgbakwụnye dị iche iche. A na-esi na ngwaa enweta okwu nkeji asụsụ ndị ọzọ mana a naghị esi na nkeji asụsụ ndị ọzọ emebeta ngwaa (hụ Mbah, 1999, 2011, Iloene 2011, Nwankwegu, 2013 & Nweya, 2016). Ọ bụ ya mere ọtụtụ ji akpọ Igbo asụsụ ngwaa. Usoro mgbakwụnye e nwere n'Igbo gụnyere:

(i) mgbakwụnye nganihu
(ii) Mgbakwụnye nganazụ
(iii) Mgbakwụnye nganetiti
(iv) Mgbakwụnye ngarube

Oge ụfọdụ, e nwere ike ijikọ usoro abụọ iji nweta okwu ọzọ dị ka a ga-esi gosi ebe a.

(i.) **Mgbakwụnye Nganihu:** A na-esi na mgbakwụnye nganihu enweta okwu ndị a n'Igbo.

| **Nganihu** | **Mgbọrọgwụ** | **Okwu ọhụụ** | **Nkeji asụsụ** |
|---|---|---|---|
| i- | kwu | ikwu | mfinitivu |
| ị- | ta | ịta | mfinitivu |
| e- | bịa | ekwu | mme-ka-ngwaa |
| a- | ta | ata | mme-ka-ngwaa |
| o- | kwu | okwu | mkpọ aha |
| ọ- | cha | ọcha | nkọwa |

(i.) **Mgbakwụnye nganihu na nganazụ**: n'okwu ụfọdụ, a na-agbakwụnye nganihu na nganazụ n'otu oge iji nweta okwu ọhụụ dị ka e si gosi n'atụ ndị a.

| **Nganihu** | **Mgbọrọgwụ** | **Nganazụ** | **Okwu ọhụụ** | **Nkeji asụsụ** |
|---|---|---|---|---|
| ọ | ta | a | ọtaa | aha omee |
| o | kwu | u | okwuu | aha omee |
| a | gbọ | ọ | agbọọ | mkpọ aha |
| a | gụ | ụ | agụụ | mkpọ aha |
| o | ji | i | ojii | nkọwa |

(iii) **Mgbakwụnye nganihu na ejima okwu**: n’imebe okwu ụfọdụ, a na-agbaso mgbakụnye nganihu na ejima okwu n’otu oge. N’atụ ndị a na-esonu, e tinyere nganihu ma mee isi ngwaa ma ọ bụ mgbọrọgwụ okwu ejima (hụ Nwankwegu, 2013:67). Ọmụma atụ:

| Nganihu | Ejima okwu | Mgbọrọgwụ | Okwu ọhụụ | Nkeji asụsụ |
|---|---|---|---|---|
| ọ | tị | ta | ọtịta | mkpọ aha/jerọndụ |
| a | zị | za | ázìzá | mkpọ aha/jerọndụ |
| a | zị | za | àzízà | aha ome ihe |
| o | gbu | gbu | ogbugbu | mkpọ aha/jerọndụ |

(iii) **Mgbakwụnye nganetiti**: N’usoro mmebe okwu a, a na-etinye nganetiti n’agbata ogwe okwu abụọ. Oge e mere nke a, a na-enweta mkpọ aha dị iche iche. Ọmụma atụ:

| **Ogwe$_1$** | **Nganetiti** | **Ogwe$_2$** | **Okwu ọhụụ** | **Nkeji asụsụ** |
|---|---|---|---|---|
| agụ | m | agụ | agụmagụ | mkpọ aha |
| ogo | l | ogo | ogologo | mkpọ aha |
| ekwu | r | ekwu | ekwerekwu | mkpọ aha |
| ngọ | **ri** | ngọ | ngọrịngọ | mkpọ aha |
| nha | ta | nha | nhatanha | mkpọ aha |

(v) **Mgbakwụnye ngarube**: Mgbakwụnye ngarube pụtara ihe n’usoro mmebe okwu Igbo. Ọ bụ usoro mmebe okwu ebe mgbakwụnye na-agarube mgbọrọgwụ okwu. Ngarube dị nganihu na nganazụ na-agakọ ọnụ. A na-agbakwụnye akụkụ nke ihu tupu mgbọrọgwụ ebe akụkụ ya nke abụọ ga anọ n’azụ mgbọrọgwụ. Ha dị abụọ n’Igbo ‘n…m’ na ‘m….m’. E nwere ike ịkpọ nke a ngarube mfe n’ihi ọ bụ myiri ụdaume. mejupụtara akụkụ ya abụọ. Ọmụma atụ

| Nganihu | Mgbọrọgwụ | Okwu ọhụụ | Nkeji asụsụ |
|---|---|---|---|
| ‘n…m’, | je (ngwaa) | njem | mkpọ aha |
| ‘m…m’ | be | mbem | mkpọ aha |

(vi) **Mgbakwụnye ngarube na mmeju**: Nke a bụ usoro mmebe okwu ebe ọ na-abụ agbakwụnyechaa ngarube na mkpọrọgwụ, e tinye mmeju ngwaa ka echiche okwu e mebere wee zuo oke (hụ Mbah, 2012 na Nwankwegu, 2013). A na-esi n’usoro a ewube ọtụtụ mkpụrụ okwu ọkachasị mkpọ aha na jerọndụ. Usoro abụọ pụtara ihe n’ebe a bụ mgbakwụnye ngarube na ntinye mmeju ngwaa. Usoro mmebe okwu dị ire karia ngarube mfe. E

nwekwazịrị ike ịkpọ ya ngarube ùkwù. Ụdị ngarube a dịkwazị abụọ n’Igbo: ‘a….m’ na ‘e…m’ Ọmụmaatụ:

| Nganihu | Mgbọrọgwụ | Mmeju | Okwu ọhụụ | Nkeji asụsụ |
|---|---|---|---|---|
| a…m | ma (ngwaa) | ihe | amamihe | mkpọaha |
| a…m | dị “ | ọcha | adịmọcha | mkpọ aha a…m |
| | kụ “ | aka | akụmaka | mkpọ aha e…m’ |
| | bu “ | ọnụ | ebumọnụ | mkpọ aha |
| e…m | je “ | ije | ejemije | mkpọ aha |
| e…m | me “ | nnọchi | ememnnọchi | mkpọ aha |

**Nnwale onwe II**

| |
|---|
| 2. Depụta ụdị usoro mgbakwụnye ise e nwere n’Igbo |

## 1.4 Nchịkọta

E lebaala anya n’usoro mgbakwụnye dị ka otu n’usoro mmebe okwu e nwere n’Igbo. E nwere usoro mgbakwụnye ise pụtara ihe n’Igbo. Ha bụ usoro mgbakwụnye nganihu, nganazụ, nganetiti, na ngarube. E nwere ike ijikọ abụọ ma ọ bụ karịa n’ime ha n’imebe okwu. E nwere ike ịgbakwụnye nganihu na nganazụ n’otu oge ma ọ bụ jri usoro mgbakwụnye nganihu na ejima okwu mebee okwu otu nje. Usoro a niile dị ire n’asụsụ Igbo.

## 1.5 Nrụtụaka/Ngumi

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages.* Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah B. M. (2012). *Circumfixation in Igbo: An Interface of Syntax and Semantics.*

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media.

## 1.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Mmụba okwu bụ mpaghara amụmamụ asụsụ, nke na-amụ ụzọ e si emebe okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo.
2. Uru amụmamụ mmebe okwu bara n’amụmamụ Igbo gụnyere:

- Ọ na-emepụta nakwa iwebata okwu ọhụrụ a hazịkwara nke ọma
- Okwu ochie ụfọdụ na-adabazighị n’usoro e si chọọ.
- Asụsụ na-agba mbibi site n’ibe ya. O nweghi asụsụ e nwere n’ụwa na-anọ naanị ya ma ọ bụ kwụgide otu ebe. O nweghịkwa asụsụ na-enweghi okwu ọhụrụ na okwu asụsụ ọzọ n’ime ya.
- A na-ebitekọrịta okwu iji mejupụta asụsụ ha.

**Ụsa nnwale nke abụọ**

3. Usoro mgbakwụnye bụ usoro mmebe okwu, nke a na-etinye ụdị mgbakwụnye dị iche na mgbọrọgwụ okwu iji mebeta okwu ọhụrụ site n’ịgbanwe ma ọ bụ ịgbatị echiche ma ọ bụ ọrụ, nke okwu na-arụ na nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu. Usoro mgbakwụnye e nwere n’Igbo gụnyere:

- mgbakwụnye nganihu
- Mgbakwụnye nganazụ
- Mgbakwụnye nganetiti
- Mgbakwụnye ngarube

# YUNIT 2 MBITE

## Ndịna

2.1 Mkpọlite
2.2 Mbunuche
2.3 Ndịna Kpọm kwẹm
 2.3.1 Mbite nkọwa
 2.3.2 Okwu mbite
 2.3.3 Nsụgharị
 2.3.4 Mbi ọgwa
2.4 Nchịkọta
2.5 Nrụtụaka/Ngumi
2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 2.1 Mkpọlite

Ihe a ga-eleba anya na nkụzi a bụ usoro mmebe okwu ọzọ zuru asụsu ọnụ nke a na-akpọ mbite. O siri ike ịhụ asụsụ ọ bụla na-anaghị ebiri okwu site n’asụsụ ọzọ. Oge ọ bụla asụsụ abụọ jekọrọ, ha ga-ebikọrịta okwu. N’ihi nke a, ọ dị mkpa ka e lebaa anya na mbite dị ka otu n’usoro mmebe okwu e nwere n’asụsụ.

## 2.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkuzi a, ị ga-enwe ike

- kọwaa mbite dị ka otu n’usoro mmebe okwu e nwere n’Igbo.
- detuo ihe na-akpalite mbite n’asụsụ.
- depụta ma jiri atụ dabara nke ọma kọwaa ụdị mbite e nwere n’Igbo.

## 2.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 2.3.1 Nkọwa mbite

O nweghi asụsụ zuru oke n’onwe ya. Ọ bụ ya mere na asụsụ ọ bụla na-ebite okwu n'aka asụsụ ọzọ ha na ya nweelara ma ọ bụ na-enwe mmekọrita n’ụdị ọ bụla. Mmekọrita nwere ike bụrụ n’ụdị agụmakwụkwọ, azụmahia, ndọrọ ndọrọ, egwuregwu, agbamọsọ agha,

alụm di na nwunye wdg. Asụsụ dị iche iche na-ebite okwu iji mejuo okwu na-adighị n'asụsụ ahụ dị ka o si metụta ihe ọhụrụ ma ọ bụ echiche ọhụrụ. Nke a na-eme ka asụsụ na-eto ma na-agbasa. Mbite dị ka usoro mmebe okwu bụ usoro zuru mba ọnụ n'ihi na o nweghi asụsụ na-anaghị ebite okwu n'asụsụ ọzọ. Asụsụ Bekee ebitela ọtụtụ okwu n'asụsụ ndị ọzọ tinyere Igbo. Mbah na Mbah (2014) kọwara na Bekee ebirila ụfọdụ okwu n'asụsụ Igbo dị ka *iroko* (uroko), *okra* (ọkwụrụ). Asụsụ Igbo n'aka nke ọzọ ebitela ọtụtụ okwu site na Bekee, Frẹnch na n'ụfọdụ asụsụ Naịjirịa dị ka Ịgala, Yoruba, Ịzọn dg. Oge ọ bụla asụsụ abụọ jekọrọ maka otu n'ihe ndị a, ọ na-enye ohere otu asụsụ isi na nke ọzọ biri okwu iji zipụta echiche, mmụta, nka n'ụzụ na ihe ndị ọzọ gbara ọhụrụ. Oge ụfọdụ, a ga-ebu ụzọ lee anya nke ọma chọpụta ma o nwere ihe e nwere ike ịkpọ ihe ahụ n'olundị n'asụsụ Igbo tupu a gaa ibite okwu ahụ n'asụsụ ọzọ. E nwere ụzọ atọ asụsụ lgbo si ebite okwu site n'asụsụ ndị ọzọ. Ha gụnyere:

i. Okwu Mbite
ii. Nsụgharị
iii. Mbi ọgwa

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ mbite?

2. Depụta ma kọwaa ụzọ atọ e si ebite okwu n'asụsụ.

### 2.3.2 Okwu mbite

Nke a bụ usoro mmebe okwu nke a na-esi n'asụsụ ọzọ webata okwu n'asụsụ Igbo n'agbanweghi nsupe ma ọ bụ echiche ya. Nke na-emekarị ma ọ bụrụ na nsupe okwu ahụ gbasoro iwu nsupe okwu n'asụsụ Igbo. O siri ike ibite okwu n'asụsụ ọzọ tụmadị asụsụ Igbo n'agbanweghi ya n'ụdị ọ bụla. Okwu ndị dabara na nkọwa a bụ okwu ndị ebitere n'agbanweghi nsupe na echiche ha. Oge ụfọdụ, a na-enwe obere mgbanwe n'ụdaolu n'ihi na a na-enwekarị ndịiche n'olumba. N'asụsụ Igbo, ụfọdụ okwu dabara na nkọwa a bụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| (1) | Mango | Mango (Bekee) |
| | tomato | tomato (Bekee) |
| | suya | suya (Awụsa) |
| | Tozo | Tozo (Awụsa) |

N'atụ ndị a, a ga-achọpụta na e nweghi mgbakwe ọ bụla na nsupe na n'echiche okwu ndị a. E biri ha etu ha dị n'asụsụ nwe ha.

**Nnwale onwe II**

3. Kọwaa ma nye atụ okwu mbite n'Igbo. Depụta ma nye atụ opeka

### 2.3.3 Nsụgharị

Nke a bụ ụdị mbite nke a na-eji mọfim dị n'asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n'asụsụ nwe okwu a na-ebiri. Nke a ga-eme ka okwu e bitere nwee echiche niile ọ na-ezipute n'asụsụ nwe ya (Nwankwegu 2013). N'asụsụ Igbo, nke a gụnyere okwu niile a sụgharịrị n'Igbo n'ụdị zipụtara echiche o nwere n'asụsụ e si bite ya. Oge a na-eme nke a, a na-agbanwekarị usoro mkpọpụta okwu ahụ. Ọtụtụ mkpụrụ okwu e ji akparịta ụbụbọ gbasara ụka sitere na nsụgharị. N'ọnọdụ a, e nwere ike ịsị na ọ bụ echiche dị n'okwu ka e biriri. Ọmụma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| (2) | **Yoruba** | **Igbo** |
| | Ashẹwo | ashawo |
| | Okuta | okwute |
| | agedi/ẹkọọ | àgìdi |

Igbo na Yoruba si n'otu agbụrụ asụsụ. Nke a pụtara na ha nwekọrọ ọtụtụ mkpụrụ okwu ọnụ. Ụda olu na mkpụrụ edide ha na-abụ otu ma ọ bụ yite. Mana ka ha na-agbasa, okwu ndị a na-agbanwuo n'usoro mkpọpụta na ọdịdị okwu. Na 2, a gaghị asị na otu asụsụ gbara mbibi site n'aka ibe ya. Mana na 3 na 4, mbite okwu pụtara ihe:

| | | |
|---|---|---|
| (3) | **Bekee** | **Igbo** |
| | Holy spirit | Mụọ nsọ |
| | wire | waya |
| | table | Tebul |
| (4) | **French** | **Igbo** |
| | Beaucoup | bọkwụ |
| | Le chiffon | ịchafụ |
| | Garage | gareji |

Atụ ndị a na-egosi asụsụ dị iche Igbo birila okwu na ya. Ọtụtụ n'ime ha na-egosi naanị mgbanwe na mkpọpụta.

**Nnwale onwe III**

4. Gịnị bụ Nsụgharị?

5. Kedụ ka nsụgharị si dị iche n'okwu mbite? Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa nke a.

### 2.3.4 Mbi ọgwa

Nke a bụ ụdị mbite a na-enweta site n'ijikọta mkpụrụ okwu abụọ si n'asụsụ dị iche iche dị ka asụsụ Igbo na asụsụ ọzọ dị ka Bekee. Nke a pụtara na otu na mkpụrụ okwu e ji mebee okwu ahụ ga-esiriri n'asụsụ ọzọ n'abụghị Igbo. Oge a na-eme nke a, nke ọ bụla n'okwu ndị a nwere ike ibu ụzọ ma ọ bụ kpere azụ. A na-akpọ ụdị mbite a mbi ọgwa. Ọmụma atụ

| | | |
|---|---|---|
| (6) | **Oche** plastik | (**Igbo**, Bekee) |
| | **Ite** ọla | (**Igbo**, Bekee) |
| | **Ọkụ** eletrik | (**Igbo**, Bekee) |
| | Ingl**igbo** | (Bekee, **Igbo**) |
| | Kapịukwu | (Bekee Igbo) |

Mọfim ndị e dejiri edeji bụ okwu Igbo ebe ndị ọzọ bụ nke Bekee. E lee anya n'atụ ndị a, a ga-achọpụta na n'agbanyeghi na okwu abụọ mebere mkpụrụ okwu ndị a si n'asụsụ dị iche iche, o meghi ka nghọta ha ghara izu oke.

**Nnwale onwe IV**

6. Gịnị bụ Nsụgharị?

7. Kedụ ka nsụgharị si dị iche n'okwu mbite? Jiri atụ dabara nke ọma kọwaa nke a.

## 2.4 Nchịkọta

Na yunit a, a kọwara na mbite bụ usoro mmebe okwu, nke a na-esi n'otu asụsụ ma ọ bụ nke ọzọ ewebata mọfim ma ọ bụ mkpụrụ okwu, nke na-adịbụghị n'asụsụ a na-ekwu maka ya. E nwere ụdị mbite atọ pụtara ihe n'Igbo. Ha bụ okwu mbite, nsụgharị na mbi ọgwa. Na nke mbụ, a na-ebiri okwu n'agbanweghi echiche na usoro mkpọpụta ya. Na nke abụọ, a na-eji mọfim dị n'asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n'asụsụ nwe okwu a na-ebiri. Na nke ikpeazụ, a na-ejikọta mkpụrụ okwu ma ọ bụ mọfim abụọ si n'asụsụ dị iche iche.

## 2.5 Nrụtụaka/Ngumi

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. *Basic Linguistics for Nigerian Languages*.Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De EnvoyMedia.

## 2.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Mbite bụ ọnọdụ mmadụ maọbụ asụsụ gara gbaziri ihe maọbụ okwu n’aka onye ọzọ maọbụ n’okwu ọzọ. N’ebe asụsụ dị, o nweghi asụsụ zuru oke n’onwe ya. Ọ bụ ya mere na asụsụ ọ bụla na-ebite okwu n'aka asụsụ ọzọ ha na ya nweelara ma ọ bụ na-enwe mmekọrita n’ụdị ọ bụla.
2. Okwu mbite bụ usoro mmebe okwu nke a na-esi n’asụsụ ọzọ webata okwu n'asụsụ Igbo n’agbanweghi nsupe ma ọ bụ echiche ya. E nwere ụzọ e si ebite okwu n’asụsụ. Ha gụnyere:
3. Okwu mbite: Nke a bụ usoro mmebe okwu nke a na-esi n’asụsụ ọzọ webata okwu n'asụsụ Igbo n’agbanweghi nsupe ma ọ bụ echiche ya.

Nsụgharị: Nke a bụ ụdị mbite nke a na-eji mọfim dị n’asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n’asụsụ nwe okwu a na-ebiri.
Mbi ọgwa: Nke a bụ ụdị mbite a na-enweta site n'ijikọta mkpụrụ okwu abụọ si n'asụsụ dị iche iche dị ka asụsụ Igbo na asụsụ ọzọ dị ka Bekee. Nke a pụtara na otu na mkpụrụ okwu e ji mebee okwu ahụ ga-esiriri n’asụsụ ọzọ n’abụghị Igbo.

**Ụsa nnwale nke abụọ**

4. **Okwu mbite** bụ usoro mmebe okwu nke a na-esi n’asụsụ ọzọ webata okwu n'asụsụ Igbo n’agbanweghi nsupe ma ọ bụ echiche ya. {ma atụ:

- tomato tomato (Bekee)
- suya suya (Awụsa)

**Ụsa nnwale nke atọ**

5. Nsụgharị bụ ụdị mbite nke a na-eji mọfim dị n’asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n’asụsụ nwe okwu a na-ebiri.
6. Nsụgharị si dị iche n’okwu mbite n’ụdị na nsụgharị na-eji mọfim dị n’asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n’asụsụ nwe okwu a na-ebiri ebe okwu mbite bụ usoro mmebe okwu nke a na-esi n’asụsụ ọzọ webata okwu n'asụsụ Igbo n’agbanweghi nsupe ma ọ bụ echiche ya.

**Ụsa nnwale nke atọ**

**7.** Mbi ọgwa bụ ụdị mbite a na-enweta site n'ijikọta mkpụrụ okwu abụọ si n'asụsụ dị iche iche dị ka asụsụ Igbo na asụsụ ọzọ dị ka Bekee. O si dị iche na nsụgharị n’ihi na mbi ọgwa mbite a na-enweta site n'ijikọta mkpụrụ okwu abụọ si n'asụsụ dị iche iche

ebe nsụgharị bụ mbite nke a na-eji mọfim dị n'asụsụ na-ebiri okwu zipute echiche dị n'asụsụ nwe okwu a na-ebiri

**8.** Ọmụma atụ:

| | |
|---|---|
| **Ọka**agbedo | (**Igbo**, Yoruba) |
| **Anụ**suya | (**Igbo**, Awụsa) |

# YUNIT 3 OKWU ỌHỤRỤ NA NGWAKỌ

## Ndịna

3.1 Mkpọlite
3.2 Mbunuche
3.3 Ndịna Kpọm kwẹm
3.3.1 Okwu ọhụrụ
3.3.2 Ngwakọ
3.4 Mmechi
3.5 Nchịkọta
3.6 Nrụtụaka/Ngumi
3.7 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere



## 3.1 Mkpọlite

Ihe a ga-elaba anya na yunit a bụ etu e si ewabata okwu ọhụrụ n'asụsụ Igbo. Asụsụ ọ bụla na-ewebata okwu ọhụrụ iji ziputa echiche ma kọwapụta ọgbara ọhụrụ. Echiche ma ọ bụ ihe ọhụrụ bata n'obodo, oge ụfọdụ, ndị nwe asụsụ na-agbalị nye ihe ahụ aha ka ndị nwe asụsụ nwee ike na-ekwu maka ya oge ha na-akparịta ụbụbọ.



## 3.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, ị ga-enwe ike

- kọwaa ihe okwu ọhụụ pụtara dị ka usoro mmebe okwu.
- depụta mbọ ụfọdụ a gbarala imebete okwu ọhụrụ n'Igbo.
- i nye ọmụma atụ okwu ọhụrụ n'Igbo ma chọpụta ihe dị iche n'okwu ọhụrụ na nsụgharị.



## 3.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 3.3.1 Okwu ọhụrụ

Asụsụ ọ bụla na-etowanye site n'imebe okwu ọhụrụ. A na-eji okwu ndị a ezipụta nka n'ụzụ, echiche na ihe ndị ọzọ pụtara ọhụrụ. Usoro mmebe okwu a pụtara ihe n'asụsụ niile. Okwu ndị a na-abụkarị okwu adịbụghị n'asụsụ Igbo (Nwankwegu, 2013 & Mbah na Mbah, 2014). A na-

enwetakarị okwu ọhụrụ oge a na-ewube mkpụrụ okwu maka otu amụmamụ ma ọ bụ nke ọzọ dị ka amụmamụ asụsụ (hụ Mbah na ndị ọzọ 2013, Igboanụsị na Mbah, 2017). A na-ewebatakwazị okwu ọhụrụ ndị nwe asụsụ tụpụtara ma a na-akọwa okwu. Ụfọdụ okwu ọhụrụ pụtara ihe n'asụsụ Igbo gụnyere ndị a:

(1) ogbunigwe
kwanta
apaama
agaracha
mmịnwụ
Ori nchekwa ahụ
ekwe ntị

Okwu ndị a bụ okwu ọhụrụ e chepụtara iji zipụta echiche, nka n'ụzụ na ihe ndị ọzọ gbara ọhụrụ.

**Nnwale onwe 1**

1. Kọwaa okwu ọhụrụ dị ka otu n'ụzọ e si emebete okwu n'Igbo?

Maa atụ iji kọwaa nke a n'uju.

**3.3.2 Ngwakọ**

Na ngwakọ, a na-egbubiri akụkụ okwu abụọ si n'otu asụsụ ma jiri akụkụ e gbubipụtara mepụta okwu ọhụrụ. Mọfim ndị e ji mebee okwu ga-esiriri n'otu asụsụ. O siri ike ihụ ọmụma atụ usoro mmebe okwu a n'Igbo. Na Bekee, e nwere atụ ndị a (Nwankwegu 2013:83):

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Breakfast | + | lunch | = | **brunch** |
| Simultaneous | + | broadcast | = | **simulcast** |
| Binary | + | digit | = | **bit** |
| Motor | + | Hotel | = | **motel** |
| Francais | + | Anglais | = | **franglais** |

Okwu ndị e dejiri edeji bụ okwu ọhụrụ si na ngakọ akụkụ mkpụrụ okwu abụọ. N'Igbo, e nwere ha ọtụtụ n'olu Ọnịcha. Ha gụnyere:

A jụlụ Chukwu? - Achukwu
Achị n'ike - Achike
Azị ka n'iwe - Azịkiwe
Ọ bụ sọ okenye na-anwụ - Soki

Aha ọhụrụ ndị a ka e mepụtara site n'ajụjụ na ahịrị okwu ndị a.

**Nnwale onwe II**

2. Lebaa anya n'asụsụ Igbo ka ị chọpụta ma e nwere atụ nkwụkọ dị

## 3.4 Nchịkọta

Na yunit a, a kọwara okwu ọhụrụ dị ka usoro mmebe okwu na-eme ka e chepụta okwu e ji ezipụta echiche na ihe ọhụrụ e webatara n'asụsụ tụmadị asụsụ Igbo. Ọ na-apụtakarị ihe ma a na-ewube mkpụrụ okwu maka amụmamụ dị iche iche ma ọ bụ oge a na-ede nkọwa okwu. A chọpụtakwazịrị na o siri ike inweta atụ nkwụkọ n'Igbo. A na-ele anya na ị ga-agbalị ịma na ị ga-enweta nke a.

## 3.5 Nrụtụaka/Ngumi

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. *Basic Linguistics for Nigerian Languages.* Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị.* Nsukka: University of Nigeria Press.

## 3.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Okwu ọhụrụ dị ka Mbah na Mbah (2014) si kwupụta bụ usoro mmebe okwu a pụtara ihe n'asụsụ niile. A na-eji okwu ndị a ezipụta nka n'ụzụ, echiche na ihe ndị ọzọ pụtara ọhụrụ. Ya bụ, asụsụ ọ bụla na-etowanye site n'imebe okwu ọhụrụ, ma okwu ndị a na-abụkarị okwu adịbụghị n'asụsụ Igbo. Ụfọdụ okwu ọhụrụ pụtara ihe n'asụsụ Igbo gụnyere ndị a:

- ogbunigwe
- kwanta
- apaama
- agaracha

**Ụsa nnwale nke abụọ**

2. Ngwakọ bụ igbubiri akụkụ okwu abụọ si n'otu asụsụ ma jiri akụkụ e gbubipụtara mepụta okwu ọhụrụ. N'Igbo, e nwere ha ọtụtụ n'olu Ọnịcha. Ha gụnyere:

- A jụlụ Chukwu? Achukwu
- Achị n'ike Achike
- Azị ka n'iwe Azịkiwe
- Ọ bụ sọ okenye na-anwụ Soki
- Iwene tabansi Tansị

# YUNIT 4 EJIMA OKWU

## Ndịna

4.1 Mkpọlite
4.2 Mbunuche
4.3 Ndịna Kpọm kwẹm
4.3.1 Ejima okwu nkọwa
4.3.2 Ejima okwu zuru oke
4.3.3 Ejima okwu ezughi oke
4.4 Nchịkọta
4.5 Nrụtụaka/Ngumi
4.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 4.1 Mkpọlite

Na yunit nke a ka emechichara, e lebara anya na nchepụta okwu ọhụrụ na nkwụkọ. A chọpụtara na nkwụkọ adịghị ire dị ka usoro mmebe okwu ndị ọzọ a kọwarala. Na yunit nke a, a ga-elebazị anya n'ejima okwu dị ka otu n'usoro mmebe okwu ọzọ dị ire n'asụsụ Igbo. Ọ dị mkpa na ị gụrụ yunit a ọfụma ka ị wee ghọta ihe ejima okwu pụtara n'asụsụ Igbo. Yunit a ga-akọwakwazị nkeji asụsụ na-anabata ejima okwu n'Igbo.

## 4.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a ga-enwe ike

- ịkọwa ihe ejima okwu pụtara.
- Depụta ụdị ejima okwu e nwere n'Igbo ma nye atụ dabara adaba.

## 4.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 4.3.1 Ejima okwu

Ejima okwu bụ usoro mmebe okwu nke na-eme ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị abụọ. O nwekwara ike bụrụ otu akụkụ mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu ka a ga-agba mkpị abụọ iji zipụta echiche ọhụrụ. Ụdị usoro mmebe okwu a pụtara ihe n'asụsụ dị iche iche

tụmadị asụsụ Igbo. A gbado ụkwụ n'akparamagwa okwu a gbara mkpị kewaa ya, a ga-enweta ụdị ejima okwu abụọ. Ha bụ
i. Ejima okwu zuru oke na
ii. Ejima okwu ezughi oke

**Nnwale onwe 1**

| |
|---|
| 1. Gịnị bụ ejima okwu? Ụzọ ole ka e kere ya n'Igbo |

### 4.3.2 Ejima okwu zuru oke

Nke a bụ ụdị ejima okwu na-eme ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị abụọ yiri onwe ha kpọm kwẹm. A na-agbaso usoro a emebe mkpọ aha, nkọwa aha na nkwuwa n'asụsụ Igbo. Iji maa atụ, Mbah (2011) kọwara na a na-eme mkpọ aha ejima iji mebeta nkwuwa. Nke a nwere ike bụrụ n'ihi na nkwuwa e nwere n'asụsụ Igbo pere mpe. Lee anya n'atụ ndị a.

| | | |
|---|---|---|
| (1) | onukwu | onukwu |
| | ara | ara ara |
| | vụga | vụga vụga |
| | mụrụ | mụrụ mụrụ |
| | ogiri | ogiri ogiri |
| | mmiri | mmiri mmiri |

E jikwazị ejima okwu ezipụta aha nkọwa ụfọdụ n'asụsụ Igbo dị ka ụcha ụfọdụ e nwere n'asụsụ Igbo: Atụ ndị dabara na nkọwa gụnyere:

(2) edo edo
ọbara ọbara
anwụ anwụ
uhie uhie

Mkpọ aha ụfọdụe nwere n'Igbo sitere n'ejima okwu dị ka e si gosi n'atụ ndị a na-esonu

(3) okirikiri
ndọrọ ndọrọ
asị asị
fịọ fịọ

Jerọndụ mfe zuru oke dabakwara n'ụdị ejima okwu a kọwara ebe a; kama, a na-ejikọ ya na usoro mgbakwụnye nganihu ọnụ, dị ka

| | | |
|---|---|---|
| (4) | zụ | ọ-**zụ-zụ** |
| | gbu | o-**gbu-gbu** |
| | gụ | ọ-**gụ-gụ** |
| | ku | ọ-**kụ-kụ** |
| | chị | ọ-**chị-chị** |
| | pị | ọ-**pị-pị** |
| | si | o-**si-si** |

ọ o-**zu-zu**
o o-**bu-bu.**

N'ọmụma atụ ndị a, ejima okwu ndị a zuru ezu n'ihi na okwu na mkpị ya yiri kpọm kwẹm. Cheta na o nwere usoro mgbakwụnye nganihu na ejima okwu si dị ka atụ (4) si gosi. N'atụ ndị a, nkeji asụsụ e mere ejima wee mebeta okwu ọhụrụ bụ mkpọ aha (hụ atụ 1-3) na ngwaa (hụ 4).

**Nnwale onwe II**

2. Kọwaa ejima okwu nzuru oke. Kedụ nkeji asụsụ na-anabata ejima okwu?

### 4.3.3 Ejima okwu nzu

Mgbe ụfọdụ, ọ bụ naanị akụkụ okwu ka a na-amụbagharị ma ọ bụ eme ejima. Nke a mere na ọdịdị mgbọrọgwụ okwu e si na ya amụbawanye okwu anaghị ezu oke n'okwu ọhụrụ e mepụtara, d.k.

Ọmụma atụ: (a) je o-**ji-je**
(b) gba ọ-**gbụ-gba**
(ch) gbọ ọ-**gbụ-gbọ**
(d) de o-**di-de**
(e) ọ ọ-**tị-ta**

N'ọmụmụ atụ ndị a, ọ bụ naanị akụkụ isi ngwaa bụ ihe pụtara ihe n'okwu e wubere. Ka e wubechara okwu a, 'je' gbanwere bụrụ 'ji' ebe 'gba' gbanwere bụrụ 'gbụ'. Ha niile gbasoro iwu ndakọrịta ụdaume. Igbo. Ejima okwu niile e si na ngwaa nweta na-edowe iwu ndakọrịta ụdaume.

**Nnwale onwe III**

3. Gịnị bụ ejima okwu nzu? Kedụ ka o si dị iche na ejima okwu zuru oke?

## 4.4 Nchịkọta

E lebaala anya n'ejima okwu dị ka otu n'usoro mmebe okwu e nwere n'Igbo. A kọwara na ejima okwu bụ ime ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị yiri onwe ha iji ziputa echiche ọhụrụ. Ọ dị ụzọ abụọ n'Igbo: ejima okwu zuru oke na ejima okwu ezughi oke. N'ejima okwu ezughi oke, okwu a mụbara anaghị eyi onwe ha kpọm kwẹm. N'ejima okwu zuru oke, n'aka nke ọzọ, okwu na ejima ya na-eyi onwe ha dam dam. Okwu ọ bụla a mụbara site na mgbọrọgwụ ngwaa na-edowe iwu ndakọrịta ụdaume.

## 4.5 Nrụtụaka/Ngumi

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị.* Nsukka: University of Nigeria Press.

## 4.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

### Ụsa nnwale nke mbụ

Ejima okwu bụ usoro mmebe okwu nke na-eme ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị abụọ. O nwekwara ike bụrụ otu akụkụ mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu ka a ga-agba mkpị abụọ iji zipụta echiche ọhụrụ. E kere ya n’Igbo ụzọ abụọ. Ha bụ

- Ejima okwu zuru oke na
- Ejima okwu ezughi oke

### Ụsa nnwale nke abụọ

2. Nke a bụ ụdị ejima okwu na-eme ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị abụọ yiri onwe ha kpọm kwẹm. Nkeji asụsụ na-anabata ejima okwu gụnyere mkpọ aha, nkọwa aha na nkwuwa n’asụsụ Igbo.

### Ụsa nnwale nke atọ

Ejima okwu nzu bụ ndị bụ na oge ụfọdụ, ọ bụ naanị akụkụ okwu ka a na-amụbagharị ma ọ bụ eme ejima. Nke a mere na ọdịdị mgbọrọgwụ okwu e si na ya amụbawanye okwu anaghị ezu oke n'okwu ọhụrụ e mepụtara.
Ọ dị iche na ejima okwu zuru oke n’ihi na ejima okwu nzuru oke bụ ụdị ejima okwu na-eme ka mgbọrọgwụ ma ọ bụ ogwe okwu gbaa mkpị abụọ yiri onwe ha kpọm kwẹm. Ma ejima okwu nzu bụ ndị bụ na oge ụfọdụ, ọ bụ naanị akụkụ okwu ka a na-amụbagharị ma ọ bụ eme ejima.

# YUNIT 5 NKWỤKỌ

## Ndịna

5.1 Mkpọlite
5.2 Mbunuche
5.3 Ndịna Kpọm kwẹm
5.3.1 Nkwụkọ
5.3.2 Nkwụkọ Ngwaa na Ngwaa
5.3.3 Nkwụkọ Mkpọ aha na Nkọwa
5.4 Nchịkọta
5.5 Nrụtụaka/Ngumi
5.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 5.1 Mkpọlite

Usoro mmebe okwu ọzọ a ga-eleba anya n’ihe ọmụmụ a bụ nkwụkọ na nchabiri. Ha abụọ dịcha mkpa n’amụmamụ mmebe okwu n’ihi na ha so n’usoro mmebe pụtara ihe n’ọtụtụ asụsụ. Nkwụkọ dị ire na mmebe okwu n’ụzọ pụrụ iche. N’amụmamụ asụsụ gburu gburu, ndị ọkaasụsụ elebaala anya n’etu asụsụ dị iche iche si akpa agwa dị ka o si metụta nkwụkọ. Nke a emeela ka a chọpụta na asụsụ dị iche iche n’etu e si a kwụkọ mkpụrụ okwu. N’ụfọdụ asụsụ e nwere ike ịkwụkọ naanị mkpọ aha na mkpọ aha ma ọ bụ ngwaa na ngwaa. N’ụfọdụ asụsụ, e nwekwazịrị ike ịkwụkọ okwu abụọ n’esighi n’otu nkeji asụsụ iji mebe okwu ọhụrụ. Asụsụ dịkwa iche iche n’iwu na-achịkwa nkwụkọ dị ka iwu akpọmakpọ na usoro okwu. N’ihi nke a, ọ dị mkpa ka a kọwaa ka asụsụ Igbo si akpa agwa dị ka o si metụta nkwụkọ na nchabiri.

## 5.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a ga-enwe ike

- nye nkọwa doro anya gbasara nkwụkọ.
- depụta, kọwaa ụdị nkwụkọ e nwere n’asụsụ Igbo ma nye atụ na nke ọ bụla.
- depụta iwu na-achịkwa nkwụkọ n’asụsụ Igbo

## 5.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 5.3.1 Nkwụkọ

Nkwụkọ bụ usoro mmebe okwu ebe a na-ejikọ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ iji mebeta okwu ọhụrụ. Ọ bụ otu ụzọ dị nnukwu ire e si emebe okwu n’asụsụ. Site n’ịkwụkọ okwu abụọ nwere echiche, a na-emepụta okwu ọhụrụ dị iche iche. Nwankwegu (2013:96) kọwara na nkwụkọ bụ ijikọ mkpọrọgwụ okwu abụọ nọbụrụ onwe ha iji mebeta okwu ọhụrụ (hụkwazie Mbah na Mbah, 2014). Ọ bụghị oge niile e jikọrọ okwu abụọ ka ọ na-ezipụta mkpọkọta echiche dị n’okwu ndị ahụ e jikọrọ. N’ọnọdụ dị etu a, a na-asị na okwu e mebere nwere echiche akpaala okwu. Asụsụ dị iche iche n’etu nkwụkọ si apụta ihe. Iji maa atụ, Nwankwegu kọwara na e nwere ike ịgbado ụkwụ na nkeji asụsụ ma ọ bụ echiche wee kewaa nkwụkọ n’asụsụ. Mana n’ebe a, nkewa a ga-eleba anya bụ dị ka o si metụta nkeji asụsụ. A gbado ụkwụ na nkeji asụsụ, e nwere ụdị nkwụkọ atọ pụtakarịsịrị ihe n’asụsụ Igbo. Ha bụ:

- nkwụkọ ngwaa na ngwaa
- nkwukọ mkpọ aha na mkpọ aha na
- nkwụkọ mkpọ aha na nkọwa

A ga-eleba anya n’ụdị nkwụkọ ndị a iji chọpụta ma e nwere ha n’Igbo.

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ nkwụkọ?
2. Kedu ihe e nwere ike ịgbado ụkwụ wee kewaa nkwụkọ n’asụsụ?

### 5.3.2 Nkwụkọ ngwaa na ngwaa

N’asụsụ Igbo, e nwere ike ịkwụkọ isi ngwaa abụọ iji mebe ngwaa ùkwù. Ọmụma atụ:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| (1) | a. | gba | + | ga | → | gbaga |
| | b. | fe | + | pụ | → | fepụ |
| | ch | ri | + | da | → | rịda |
| | d. | zi | + | je | → | zije |
| | e. | ma | + | ba | → | maba |
| | g. | nye | + | fe | → | nyefe |
| | h. | bu | + | ba | → | buba |

N'ọmụma atụ ndị a, ngwaa ọ bụla n'ime ha nwere ike ịrụ ọrụ n’onwe ya dị ka isi ngwaa. Mgbe a kwukọrọ ha ọnụ, isi ngwaa nke abụọ na-enwoghari echiche ya ma nwezie echiche mbu-ụzọ. Ọ bụ n’ihi ụdị akparamagwa a ka Mbah (1999) ji kwuo na isi ngwaa nke abụọ bụ ụdị mbu-ụzọ.

**Nnwale onwe II**

| |
|---|
| 3. kọwaa nkwụkọ si na ngwaa na ngwaa. |
| 4. Nye ọmụma atụ na-ezipụta ụdị nkwụkọ a n'asụsụ Igbo |

### 5.3.3 Nkwụkọ mkpọ aha na mkpọ aha

E nwekwazịrị ike ikwụkọ mkpọ aha abụọ iji mebete okwu dị iche iche. N'echemeche ndị Igbo, mgbe a kwukọrọ mkpọaha abụọ ọnụ, nke bu ụzọ na-abụ isi ya bụ nkeji ahịrị ebe nke na-esote ya na-akọwa nke mbụ. Ọmụma atụ:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| (2) | ụlọ + | ọgwụ | → | ụlọ ọgwụ |
| | ụlọ + | akwụkwọ | → | ụlọ akwụkwọ |
| | ọba | + ego | → | ọba ego |
| | okwu | + chukwu | → | okwu chukwu |
| | ekwe | + ntị | → | ekwe ntị |
| | ọkụ | + elu | → | ọkụ elu |
| | aka | + nchawa | → | aka nchawa |
| | akpatị | + ozu | → | akpatị ozu |

N'atụ ndị a, mkpụrụ okwu, abụọ a kwụkọrọ bụcha mkpọ aha. Okwu e mebetere bụkwazị mkpọ aha. Ụdị nkwụkọ a pụtara ihe ọfụma n'asụsụ Igbo.

| |
|---|
| 5. Kọwaa nkwụkọ mkpọ aha na mkpọ aha. |
| 6. Nye ọmụma atụ iri na-ezipụta ụdị nkwụkọ a n'asụsụ Igbo. |

### 5.3.3 Nkwụkọ mkpọ aha na nkọwa

Ụdị nkwụkọ ọzọ pụtara ihe n'asụsụ bụ nkwụkọ ngwaa na nkọwa. N'ebe a, a na-akwụkọ mkpụrụ okwu abụọ, nke otu n'ime ha ga-abụ mkpọ aha ebe, nke ọzọ ga-abụ nkọwa iji mebeta okwu ọhụrụ. Oge a na-emebeta okwu n'ụzọ dị etu a, mkpọ aha ma ọ bụ nkọwa nwere ike ibu ụzọ ma ọ bụ kpete azụ. Ọmụma atụ:

| | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| (3) | a. | ezi | + | okwu | → | ezi okwu |
| | b. | ozi | + | ọma | → | ozi ọma |
| | ch. | ala | + | ukwu | → | ala úkwú |

N'atụ ndị a, a kwụkọrọ mkpọ aha na nkọwa aha. N'atụ (3a) nkọwa aha bu ụzọ, mkpọ aha ana-eso ya. N'aka nke ọzọ, mkpọ aha bu ụzọ n'atụ (3b-ch); nkọwa aha na-eso ya. Ihe kpatara nke a bụ na ụfọdụ nkọwa aha na-ebute ụzọ mgbe ọ bụla e jikọrọ ha na mkpọ aha ebe ụfọdụ nwere ike ikpete naanị azụ. Iji maa atụ, *ézí* na-ebu ụzọ mgbe ọ bụla ebe *ọma* na *ukwu* na-ekpete azụ mgbe ọ bụla (hụkwa Anurudu, 1999, 2010).

**Nnwale onwe IV**

7. Kọwaa nkwụkọ mkpọ aha na nkọwa aha.

8. Nye ọmụma atụ iri na-ezipụta ụdị nkwụkọ a n'asụsụ Igbo.

9. Depụta ihe abụọ e ji mara ụdị nkwụkọ a.

## 5.4 Nchịkọta

A kọwara na nkwụko bụ usoro mmebe okwu, ebe a na-ejikọ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ iji mebeta okwu ọhụrụ. E nwere ụdị nkwụkọ atọ pụtara ihe n'asụsụ Igbo ma a gbado ụkwụ na nkeji asụsụ e si na ya weta mkpụrụ okwu. Ha bụ nkwụkọ ngwaa na ngwaa, nkwụkọ mkpọ aha na mkpọ aha na nkwụkọ mkpọ aha na nkọwa.

## 5.5 Nrụtụaka/Ngumi

Anurudu, S. M. (1999). "The Ìgbò Noun Phrase" M.A. Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Anurudu, S. M. (2010). "Head-Modifier Structures in the Ìgbò Language" Ph. D Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in Syntax: Ìgbò Phrase Structure*. Nsukka: Price.

Mbah, B. M. na Mbah (2014). *Atụtụ amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media.

## 5.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Nkwụkọ bụ usoro mmebe okwu ebe a na-ejikọ mọfim ma ọ bụ mkpụrụ okwu abụọ iji mebeta okwu ọhụrụ. Ọ bụ otu ụzọ dị nnukwu ire e si emebe okwu n’asụsụ. Site n’ịkwụkọ okwu abụọ nwere echiche, a na-emepụta okwu ọhụrụ dị iche iche.
2. E nwere ike ịgbado ụkwụ na nkeji asụsụ ma ọ bụ echiche wee kewaa nkwụkọ n’asụsụ.

**Ụsa nnwale nke abụọ**

3. Nkwụkọ ngwaa na ngwaa: Q bxrx na a b[a n’asụsụ Igbo, e nwere ike ịkwụkọ isi ngwaa abụọ iji mebe ngwaa ùkwù. Ọmụma atụ:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| a. | gba | + | ga | → | gbaga |
| b. | fe | + | pụ | → | fepụ |

N'ọmụma atụ ndị a, ngwaa ọ bụla n'ime ha nwere ike ịrụ ọrụ n’onwe ya dị ka isi ngwaa. Mgbe a kwukọrọ ha ọnụ, isi ngwaa nke abụọ na-enwoghari echiche ya ma nwezie echiche mbu-ụzọ.

4. Ọmụma atụ na-ezipụta ụdị nkwụkọ a n’asụsụ Igbo gxnyere nd[ a:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| a. | gba | + | ga | → | gbaga |
| b. | fe | + | pụ | → | fepụ |
| ch | ri | + | da | → | rịda |
| d. | zi | + | je | → | zije |
| e. | ma | + | ba | → | maba |
| g. | nye | + | fe | → | nyefe |
| h. | bu | + | ba | → | buba |
| f | gba | + | px | → | gbapx |

**Ụsa nnwale nke atọ**

5. Nkwụkọ mkpọ aha na mkpọ aha bx oge e nwere ike ikwụkọ mkpọ aha abụọ iji mebete okwu dị iche iche. N'echemeche ndị Igbo, mgbe a kwukọrọ mkpọaha abụọ ọnụ, nke bu ụzọ na-abụ isi ya bụ nkeji ahịrị ebe nke na-esote ya na-akọwa nke mbụ. Ọmụma atụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| ụlọ + | ọgwụ | → | ụlọ ọgwụ |
| ụlọ + | akwụkwọ | → | ụlọ akwụkwọ |

6. Ọmụma atụ iri na-ezipụta ụdị nkwụkọ a n’asụsụ Igbo gxnyere nd[ a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Akwa | + | oche | → | akwa oche |
| Igbe | + | akwa | → | igbe akwa |
| ụlọ | + | ọgwụ | → | ụlọ ọgwụ |
| ụlọ | + | akwụkwọ | → | ụlọ akwụkwọ |
| ọba | + | ego | → | ọba ego |
| okwu | + | chukwu | → | okwu chukwu |
| ekwe | + | ntị | → | ekwe ntị |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| ọkụ | + | elu | → | ọkụ elu |
| aka | + | nchawa | → | aka nchawa |
| akpatị | + | ozu | → | akpatị ozu |

**Ụsa nnwale nke anọ**

7. Nkwụkọ mkpọ aha na nkọwa aha bụ oge a na-akwụkọ mkpụrụ okwu abụọ, nke otu n'ime ha ga-abụ mkpọ aha ebe, nke ọzọ ga-abụ nkọwa iji mebeta okwu ọhụrụ. Oge a na-emebeta okwu n'ụzọ dị etu a, mkpọ aha ma ọ bụ nkọwa nwere ike ibu ụzọ ma ọ bụ kpete azụ. Ọmụma atụ:

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| a. | ezi | + | okwu | → | ezi okwu |
| b. | ozi | + | ọma | → | ozi ọma |
| ch. | azụ | + | ụlọ | → | azụ ụlọ |
| b. | ozi | + | ọma | → | ozi ọma |
| d. | ala | + | ukwu | → | ala úkwú |

8. Ihe abụọ e ji mara ụdị nkwụkọ a bx na a kwụkọrọ mkpọ aha na nkọwa aha. Qzqkwa bx na mkpọ aha bu ụzọ n'atụ, nkọwa aha na-eso ya.

# YUNIT 6 NSINA OKWU NJAKỊRỊ NA OKWU ỌKPỤ

## Ndịna

6.1 Mkpọlite
6.2 Mbunuche
6.3 Ndịna Kpọm kwẹm
6.3.1 Nsina okwu njakịrị
6.3.2 Nsina okwu ọkpụ
6.4 Nchịkọta
6.5 Nrụtụaka/Ngumi
6.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 6.1 Mkpọlite

Usoro mmebe okwu a ga-atụle na yunit a bụ nsina okwu njakịrị na okwu ọkpụ. Okwu a bụ okwu e ji egwuregwu, nke na-anọgide bụrụzịa isi ụbọbọ. o na-enyere aka ime ka ndị nwe asụsụ zipụta echiche etu o si masị ha. N'ebe a, a ga-eleba anya etu usoro ndị a si abawanye mkpụrụ okwu Igbo.

## 6.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a ga-enwe ike

- kọwaa nsina okwu njakịrị na okwu ọkpụ dị ka usoro mmebe okwu.
- nyee atụ usoro abụọ ndị a.

## 6.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 6.3.1 Nsina okwu njakịrị

Asụsụ Igbo na-esi na njakịrị enweta okwu ọhụrụ. Okwu ndị a nwere ike ịbụ okwu akọmọnụ, okwu mkparị, okwu njali, okwu otito, okwu mmebọ, okwu ndụmọdụ na aha ndị ọzọ e ji akọwa ka ihe dị, ka ihe si eme, ọnọdụ ihe ma ọ bụ ọnọdụ mmadụ.

Njakịrị na-esi n'otu ebe amalite. N'ebe o siri malite ka ọ ga-esi rụtụ ọtụtụ mmadụ, sitezie ebe ahụ bụrụ asụsụ mba. Mgbe ụfọdụ, ụmụ

okorobịa, ụmụ agbọghọbịa, ụmụ akwụkwọ, ndị na-azụ ahịa, ndị ahịa ọgwụ, ndị na-eti egwu, ndị nta akụkọ, ndị ọkọ akụkọ na ọtụtụ ndị ọzọ na-emepụta mkpụrụ okwu ọhụrụ, aha, nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu nke ha. Na mbido, ọ na-abụ sọ ha na-aghọta ihe asụsụ ndị ahụ pụtara mana mgbe ọ nọtere aka, okwu ndị ahụ abanye n'asụsụ Igbo. A na-eji okwu njakịrị eziputa echiche dị iche iche dị ka ịkọwa ọdịdị, etu ihe si eme, ọnọdụ, akparamagwa, nkwanye ugwu, nkọtọ, mkparị, otito wdg. Okwu njakịrị nwere ike ịbụ mkpụrụ okwu, nkebi okwu ma ọ bụ ahịrị okwu mana ndị e depụtara n’ebe a bụ mkpụrụ okwu.

| | | | |
|---|---|---|---|
| (1) | onye ọwa | (2) | mugu |
| | gbàrá àgbà | | onye mgbu/onye owo |
| | ndị eke | | okongwu |
| | ịwụ n’ala | | ịgba buutu |
| | gbara ọgwụ gị nwụọ | | yori yori |
| | àkwá nwa | | tam tam |
| | ịnọ n’ofe | | ebe anọ |
| | aka nchawa | | igbu ozu |
| | owu ite | | ọdeshi |
| | ọtụmọkpọ | | ájụ̀ |

Okwu ndị a malitere ka okwu njakịrị; e mechazie, a nabata ha ka okwu mkparịta ụbọbọ site n’iji ha na-eziputa echiche dị iche iche.

**Nnwale onwe 1**

1. Kọwaa nsina okwu njakịrị ma nye atụ ise ọ bụla ị mara site n’ogbe gị.

### 6.3.2 Nsina okwu ọkpụ

E nwere olundị dị dị iche iche n’asụsụ Igbo. Ụfọdụ ọkaasụsụ elebaala anya n’akparamagwa ha n’ụzọ dị iche iche ma kewaa ha site ịgbado ụkwụ n’usoro okwu, mmebe okwu na akpọmakpọ (hụ Ikekeọnwụ, 1986 & Nwaozuzu, 2008). Olundị a gasị nwere ọtụtụ okwu ọkpụ na-adighị n’Igbo Izugbe. Okwu ndị a na-eji nwayọọ na-abata n’Igbo izugbe site n’edemede na ekwurekwu dị iche iche. Ndị nwere mmasị n’ịhazi asụsụ Igbo na-ewebatakwa ụfọdụ n’ime ha iji kwalite asụsụ. Ka ọ dị ugbu a, o nwere ụfọdụ okwu a naghị ahụtazị ka olundị n’ihi na ha ezuola Igbo ọnụ. Ihe ọzọ na-akpalite iwebata okwu site n’olundị bụ mmepe ala Igbo. Ala Igbo na-emepe n’ike n’ike nke na ndị si ebe dị iche na-ebikọ ọnụ. Nke a na-emezi ka olundị na-ejekọ. Oge ọ bụla ọ dị etu a, okwu ọkpụ si n’olundị na-apụta ihe. Tupu a mara ihe na-eme, ha na-aghọ ozuru Igbo ọnụ. E sila n’olundị webata ọtụtụ okwu n’Igbo Izugbe dị ka ndị a: Ọmụma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| (3) | nari | puku |
| | ijeri | uji |

ezu ọwa
ụda agụmagụ
ejije

**Nnwale onwe II**

| |
|---|
| 2. Gịnị bụ nsina okwu ọkpụ? Nye atụ ise ọ bụla site n'olundị gị. |

## 6.4 Nchịkọta

Na nchịkọta, nsina okwu njakịrị bụ usoro mmebe okwu, nke na-akwado iwebata okwu njakịrị ụfọdụ ha bụrụzia okwu ọha na eze nabatara iji na-akparịta ụbụbọ n'Igbo. N'aka nke ọzọ, nsina okwu ọkpụ bụ usoro mmebe okwu, nke na-akwado isi n'olundị webata okwu n'Igbo Izugbe iji ziputa echiche ma ọ bụ nye ihe aha ọkachasị echiche na ihe ndị ahụ enweghi okwu a ga-eji ziputa ha. Ha bara nnukwu uru n'ịkwalite na n'ịhazi asụsụ.

## 6.5 Nrụtụaka/Ngumi


Anurudu, S. M. (1999). "The Ìgbò Noun Phrase" M.A. Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Anurudu, S. M. (2010). "Head-Modifier Structures in the Ìgbò Language" Ph. D Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in Syntax: Ìgbò Phrase Structure*. Nsukka: Price.

Mbah, B. M. na Mbah (2014). *Atụtụ amụmamụ ụtọ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media.

## 6.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Kọwaa nsina okwu njakịrị ma nye atụ ise ọ bụla ị mara site n’ogbe gị.
   Okwu nsina njakịrị bụ okwu Igbo ndị a na-esi na njakịrị enweta. Ọmụmatụ gụnyere:

| | | | |
|---|---|---|---|
| a. | onye ọwa | b. | mugu |
| | gbàrá àgbà | | onye mgbu/onye owo |
| | ndị eke | | okongwu |
| | ịwụ n’ala | | ịgba buutu |
| | gbara ọgwụ gị nwụọ | | yori yori |
| | àkwá nwa | | tam tam |

**Ụsa nnwale nke abụọ**

2. Okwu ọkpụ bụ okwu ndị na-apụta ihe oge olundị dị iche iche jekọrọ ọnụ. Ya bụ, oge ọ bụla ọ dị etu a, okwu ọkpụ si n’olundị na-apụta ihe.

# YUNIT 7 NSINA USORO OKWU NA MGBATỊ ECHICHE

## Ndịna

7.1 Mkpọlite
7.2 Mbunuche
7.3 Ndịna Kpọm kwẹm
7.3.1 Nsina usoro okwu
7.3.2 Mgbatị echiche
7.4 Nchịkọta
7.5 Nrụtụaka/Ngumi
7.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere



## 7.1 Mkpọlite

Usoro okwu bụ amụmamụ na-eleba anya n'etu e si edokọ mkpụrụ okwu iji mebe ahịrị okwu. Nke a pụtara na ọ bụ mkpụrụ okwu ka e ji emebe ahịrị okwu. Kama na a chọpụtakwazịrị na e nwere ike iji ahịrị okwu mebete mkpụrụ okwu n'asụsụ ụfọdụ dị ka Igbo na Yoruba (hụ Taiwo, 2013). N'ebe a, a ga-eleba anya n'etu usoro a si pụta ihe n'asụsụ Igbo. Usoro mmebe okwu ọzọ a ga-elebakwzị anya n'ebe a bụ mgbatị echiche. Ha abụọ dịcha ìrè na mmebe okwu Igbo.



## 7.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a ga-enwe ike

- nye nkọwa ihe bụ sina usoro okwu
- kọwaa ihe bụ mgbatị echiche



## 7.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 7.3.1 Nsina usoro okwu

N' ụdị usoro mmebe okwu a, a na-egbuda nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu ka ọ bụrụ mkpụrụ okwu. A na-ejikarị ụdị mkpụrụ okwu a ezipụta ụdị aha dị iche iche ọkachasị aha mmadụ na aha ihe. Nke a pụtara ihe n'ọmụma atụ ndị a:
Ọmụma atu:

| **Ahịrị okwu** | | **Aha aka/etutu** |
|---|---|---|
| (1) | Akụ dị gboo- | Akụdịgboo |
| | Chukwu ebuka | Chukwuebuka |
| | Chukwu nọ nso | Chukwunọnso |
| | Kà a nà-ayọ Chukwu | Kàanayọchukwu |
| | Soro m too Chukwu | Soromtoochukwu. |
| | Agụ na-eche mba | Agụnaechemba |
| | Ezè a ma nà ọ gà-èchi | Ezèamànàọgàèchi |
| | Ọ kwụ ọtọ ekele eze | Okwụọtọekeleeze |
| | Onye Chukwu mere eze | Onyechukwumèrèezè |
| | O sì nà nwatà àchị | Osìnànwatààchị |
| | Ụdọ akpụ enyi | Ụdọakpụenyi |
| | O ji ụkwụ eje Aba | Ojiụkwụejeaba |
| | Ọ ma ụma asa ahụ | Ọmaụmaasaahụ |

Atụ ndị a na-egosi na okwu ndị a bụ ahịrị okwu mana e gbudazịrị ha, ha abụrụzịa aha.

**Nnwale onwe 1**

- Gịnị bụ nsina usoro okwu?
- Kedụ ka o si dị iche n’amụmamụ usoro okwu kpọm kwẹm?

**7.3.2 Mgbatị echiche**

Nke a na-apụtakarị mgbe e nwogharịrị echiche okwu ma nye ya mpụtara ọhụrụ. A na-esi n’usoro a enwete atụmatụ okwu dị ka mbụrụ na egbe okwu. Ọmụma atụ:

| **(2)** **Mkpụrụ okwu** | **Mgbatị echiche** |
|---|---|
| ezi | atịtị |
| mbe | aghụghọ |
| ewu | nzuzu |
| ọkụkọ | agharịgha |
| akpọ | eri eri |
| ele | ọsọ |
| agụ | esimike |
| ụgba | nsogbu |

Mkpụrụ okwu ndị a nwere echiche chi ha tinyere echiche ọhụrụ e nyere ha.

**Nnwale onwe II**

3. Kọwaa mgbatị echiche dị ka usoro mmebe okwu Igbo ma nye atụ dabara nke ọma?

## 7.4 Nchịkọta

Na nchịkọta, nsina usoro okwu bụ igbuda nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu ka ọ bụrụ mkpụrụ okwu. Ụdị mkpụrụ okwu a na-enwetakarị oge e mere nke a bụ mkpọ aha. N'aka nke ọzọ, mgbatị echiche bụ inwogharị echiche mkpụrụ okwu ma nye ya mpụtara ọhụrụ tinyere nke o nwere na mbụ. A na-esi etu a emebeta okwu ọhụrụ n'Igbo.

## 7.5 Nrụtụaka/Ngumi


Anurudu, S. M. (1999). "The Ìgbò Noun Phrase" M.A. Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Anurudu, S. M. (2010). "Head-Modifier Structures in the Ìgbò Language" Ph.D Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in Syntax: Ìgbò Phrase Structure*. Nsukka: Price.

Mbah, B. M. na Mbah (2014). *Atụtụ amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media.

## 7.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Nsina usoro okwu bụ ụdị usoro mmebe okwu a, a na-egbuda nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu ka ọ bụrụ mkpụrụ okwu. A na-ejikarị ụdị mkpụrụ okwu a ezipụta ụdị aha dị iche iche ọkachasị aha mmadụ na aha ihe.
2. Usoro okwu bụ amụmamụ na-eleba anya n'etu e si edokọ mkpụrụ okwu iji mebe ahịrị okwu. Nke a pụtara na ọ bụ mkpụrụ okwu ka e ji emebe ahịrị okwu. Ebe nsina usorookwu bụ ụdị usoro mmebe okwu a na-egbuda nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu ka ọ bụrụ mkpụrụ okwu

**Ụsa nnwale nke abụọ**

3. Mgbatị echiche dị ka usoro mmebe okwu Igbo bụ nke na-apụtakarị ihe mgbe e nwogharịrị echiche okwu ma nye ya mpụtara ọhụrụ. Ọmụmaatụ:

| **Mkpụrụ okwu** | **Mgbatị echiche** |
|---|---|
| ezi | atịtị |
| mbe | aghụghọ |
| ewu | nzuzu |
| ọkụkọ | agharịgha |

# YUNIT 8 NCHABI NA NDEBIRI

## Ndịna

8.1 Mkpọlite
8.2 Mbunuche
8.3 Ndịna Kpọm kwẹm
8.3.1 Nchabi
8.3.2 Ndebiri
8.4 Nchịkọta
8.5 Nrụtụaka/Ngumi
8.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

## 8.1 Mkpọlite

Na yunit a, a ga-eleba anya n'usoro mmebe okwu abụọ. Ha bụ nchabi na ndebiri. Ha abụọ bụcha ụzọ e si emebeta okwu n'Igbo. N'usoro abụọ ndị a, a na-ewepụ akụkụ mkpụrụ okwu iji nweta okwu ọzọ. E nwekwara ike ịgbaso usoro ndị a mebeta okwu n'asụsụ ndị ọzọ dị ka Bekee. Etu o sila dị, a ga-akọwa ha ma gosi etu ha si pụta ihe n'asụsụ Igbo.

## 8.2 Mbunuche

Na ngwụcha nkụzi a, a ga-enwe ike

- nye nkọwa doro anya gbasara nchabi.
- nye nkọwa doro anya gbasara ndebiri

## 8.3 Ndịna kpọm kwẹm

Ihe ọmụmụ a ga-elenye anya na mbunuche kpọmkwem e ji were na-eme ihe ọmumụ a.

### 8.3.1 Nchabi

Nchabi bụ usoro mmebe okwu ọzọ e nwere n'asụsụ Igbo. N'ebe a, a na-emebeta okwu ọzọ site n'ịchabipụ otu akụkụ mkpụrụ okwu nwekarịrị nkeji okwu abụọ. E nwere ike ime nke a site n'ihu, n'azụ ma ọ bụ n'akụkụ abụọ ahụ. N'asụsụ Igbo, a na-etinyekarị usoro a n'ọrụ n'aha mmadụ. Nwankwegu (2013:83) kọwara na e kere ya ụzọ atọ dị ka o si metụta akụkụ mkpụrụ okwu a chabipụrụ achabipụ. Ha bụ:

- Nchabi ihu
- Nchabi azụ na
- Nchabi ọgwa

**Nchabi ihu:** Na nchabi ihu, a na-achabi mkpụrụ okwu site n'ihu ya. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a:

(1)

| | **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
|---|---|---|
| | Chukwuemeka | Emeka |
| | Chịdịmma | Dịmma |
| | Onyebụchi | Bụchi |
| | Chijioke | Jioke |

N'atụ ndị a, e si n'ihu mkpụrụ okwu chabipụ okwu wee nweta okwu ọzọ.

**Nchabi azụ:** Na nchabi azụ, a na-achabi mkpụrụ okwu site n'azụ ya iji nweta okwu ọzọ. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a:

(2)

| | **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
|---|---|---|
| | Okechukwu | Okee/Oke |
| | Chiọma | Chii |
| | Ositadịmma | Osii |
| | Ifeanyịchukwu | Ifeanyị |
| | Ifenna | Ifee |

**Nchabi ọgwa:** Na nchabi ọgwa, a na-achabi mkpụrụ okwu ka n'azụ ka n'ihu ya iji nweta okwu ọzọ. Nke a pụtara ihe n'okwu ndị a:

(3)

| | **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
|---|---|---|
| | kaanaayọchukwu | anaayọ |

**Nnwale onwe 1**

- Gịnị bụ nchabi?
- Depụta ụdị nchabi e nwere n'Igbo jiri atụ dabara nke ọma kọwaa nke ọ bụla n'ime ha

### 8.3.2 Ndebiri

Nke a bụ ụdị usoro mmebe okwu ebe a na-eji mkpụrụ edide izizi mebere ọgbara okwu dị ka nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu emebeta okwu ọhụrụ. Okwu a na-ekwu maka ya nwere ike ịbụ aha echiche, aha ebe, aha ụlọ ọrụ, aha ihe ma ọ bụkwanụ aha mmadụ. Ọ na-abụkarị okwu nwere karịa nkeji okwu abụọ. A na-eme nke a iji belata ịkpọru okwu ahụ n'isi ugboro ugboro oge a na-ekwu ma ọ bụ na-ede ihe (hụ Igboanụsị na Mbah, 2017; Mbah na ndị ọzọ, 2013; Oli, Nwaozuzu na Mbah, 2013). Ọmụma atụ:

(4)

| | **Okwu** | **Ndebiri** |
|---|---|---|
| | ogbu oge | OO |

| | |
|---|---|
| Ori Nchekwa Ahụ | ONA |
| wee dịrị gawazie | wdg |
| dịrị gawazie | dg |

Atụ ndị a na-egosi okwu ọhụrụ dị iche iche e nwere n’Igbo site na ndebiri

**Nnwale onwe II**

3. Gịnị bụ ndebiri? Jiri atụ dabara ọfụma kọwaa etu o si pụta ihe n’asụsụ Igbo.

## 8.4 Nchịkọta

Na nchịkọta, nchabi bụ imebeta okwu ọzọ site n’ịchabipụ akụkụ mkpụrụ okwu nwere karịa nkeji okwu abụọ. Ọ dị ụzọ atọ e nwere ike isi mee nke a. Ha bụ nchabi ihu, nchabi azụ na nchabi ọgwa. N’aka nke ọzọ, ndebiri bụ imebete mkpụrụ okwu site n’iwere mkpụrụ edide izizi mebere ọgbara mkpụrụ okwu. E nyere atụ dị iche iche iji gosi ka ha si pụta ihe n’asụsụ Igbo.

## 8.5 Nrụtụaka/Ngumi

Anurudu, S. M. (1999). “The Ìgbò Noun Phrase” M.A. Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Anurudu, S. M. (2010). “Head-Modifier Structures in the Ìgbò Language” Ph.D. Thesis, University of Ibadan, Ibadan Nigeria.

Emenanjo, E. N. (1991). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọ asụsụ Igbo Izugbe.* Lagos: Longman.

Emenanjo, E. N. (2015). *Contemporary Igbo Grammar: Constituents, Features and Processes.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit and Linguistics Association of Nigeria.

Iloene, M. (2011). Igbo Morphology. In *Basic Linguistics for Nigerian Languages*. Ijebu-Ode: Shebiotimo.

Mbah, B. M. (1999). *Studies in Syntax: Ìgbò Phrase Structure*. Nsukka: Price.

Mbah B. M, Mbah E. E (2014). *Atụmatụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsukka: Universityof Nigeria Press Ltd.

Mbah na ndị ọzọ (2013). *Ìgbò Àdị*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nwankwegu, J. A. (2013). *Fundamentals of Morphology*. Enugu: De Envoy Media.

Oli, J. M; Nwaozuzu, G. I na Mbah B.M (2013). *English-Igbo Medical Dictionary*. Nsukka: University of Nigeria Press

## 8.6 Ihe kwesịrị ịbụ ụsa nnwale e mere

**Ụsa nnwale nke mbụ**

1. Nchabi bụ usoro mmebe okwu ọzọ na-emebeta okwu ọzọ site n’ịchabipụ otu akụkụ mkpụrụ okwu nwekarịrị nkeji okwu abụọ
2. Ụdị nchabi e nwere n’Igbo gxnyere:

**Nchabi ihu:** Na nchabi ihu, a na-achabi mkpụrụ okwu site n’ihu ya. Nke a pụtara ihe n’okwu ndị a:

| **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
| --- | --- |
| Chukwuemeka | Emeka |
| Chịdịmma | Dịmma |

**Nchabi azụ:** Na nchabi azụ, a na-achabi mkpụrụ okwu site n’azụ ya iji nweta okwu ọzọ. Nke a pụtara ihe n’okwu ndị a:

| **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
| --- | --- |
| Okechukwu | Okee/Oke |

**Nchabi ọgwa:** Na nchabi ọgwa, a na-achabi mkpụrụ okwu ka n’azụ ka n’ihu ya iji nweta okwu ọzọ. Nke a pụtara ihe n’okwu ndị a:

| **Mkpụrụ okwu** | **Nchabi ya** |
| --- | --- |
| kaanaayọchukwu | anaayọ |

**Ụsa nnwale nke abụọ**

3. Ndebiri bụ ụdị usoro mmebe okwu ebe a na-eji mkpụrụ edide izizi mebere ọgbara okwu dị ka nkebi okwu, nkebi ahịrị ma ọ bụ ahịrị okwu emebeta okwu ọhụrụ. Ọmụma atụ:

| **Okwu** | **Ndebiri** |
| --- | --- |
| ogbu oge | OO |
| Ori Nchekwa Ahụ | ONA |

Atụ ndị a na-egosi okwu ọhụrụ dị iche iche e nwere n’Igbo site na ndebiri